# OZI ỌMA DIKA JỌN

## DERE YA N'AKWUKWỌ

1 1 Na mbu ka Okwu ahu diri, Okwu
ahu na Chineke di-kwa-ra, Okwu
ahu buru kwa Chineke. 2 Onye ahu na
Chineke diri na mbu. 3 Ekère ihe nile
site n'aka-Ya; ekègh kwa otù ihe ọ bula
nke ekèworo ma Ọ nọgh ya. 4 Nime
Ya ka ndu diri; ndu ahu buru kwa Ìhè
nke madu. 5 Ìhè ahu we nāmu
n'ọchichiri; ọchichiri ahu ejidegh kwa
ya. 6 Otù nwoke putara, onye ezitere
site n'ebe Chineke nọ, aha-ya bu Jọn.
7 Onye ahu biara iḅa àmà, ka ọ we ḅara
Ìhè ahu àmà, ka madu nile we site n'aka-
ya kwere. 8 Ya onwe-ya abugh Ìhè
ahu, kama ọ biara ka ọ we ḅara Ìhè ahu
àmà. 9 Ezi Ìhè ahu diri, Nke nēnye
madu ọ bula nke nābia nime uwa ìhè.
10 Ọ nọri n'uwa, ekè-kwa-ra uwa site
n'aka-Ya, uwa amagh kwa Ya. 11 Ọ
biakutere ihe nke aka Ya, ma ndi nke aka
Ya akpọbatagh Ya. 12 Ma ka ha ra, bú
ndi nara Ya, ha ka Ọ nyere ike ighọ umu
Chineke, bú ndi kwere n'aha-Ya: 13 ndi
amuru, ọ bugh site n'ọbara, ọ bugh kwa
site n'ọchichọ anu-aru, ọ bugh kwa site
n'ọchichọ nwoke, kama site na Chineke.
14 Okwu ahu we ghọ anu-aru, bú madu,
Ọ we biri n'etiti ayi, (ayi kiri-kwa-ra
otuto-Ya, bú otuto dika otù nwa-nwoke
amuru nání ya nānata n'aka nna-ya), O
juputara n'amara na ezi-okwu. 15 Jọn
nāḅara Ya àmà, nēti kwa nkpu, si, Onye
a bu Onye m'kwuru okwu bayere Ya, si,
Onye ahu Nke nābia n'azum aghọwo
Onye burum uzọ: n'ihi na Ọ buri Onye
mbu n'ebe m'nọ. 16 N'ihi na site na
njuputa-Ya ka ayi onwe-ayi nile natara,
ọbuná amara nēsochi amara. 17 N'ihi
na esitere n'aka Moses nye iwu Chineke;
amara na ezi-okwu sitere n'aka Jisus
Kraist bia. 18 Ọ digh onye ọ bula
huworo Chineke mḅe ọ bula; Chineke,
bú Ọkpara amuru nání Ya, Onye
nādabere n'obì Nna-Ya, Onye ahu kọrọ
Ya nye madu.

19 Nka bu kwa àmà Jọn, mḅe ndi-Ju
siri na Jerusalem zigara ya ndi-nchu-aja
na ndi Livai ka ha jua ya, si, Gì onwe-gi
bu onye? 20 Ọ we kwuputa, ọ gọgh
kwa agọ; ma o kwuputara, si, Mu onwem
abugh Kraist ahu. 21 Ha we jua ya, si,
Ì bu gini kwa? Gì onwe-gi bu Elaija?
Ọ si, Abughm. Gì onwe-gi bu onye-
amuma ahu? Ọ we za, si, É-è. 22 Ya
mere ha siri ya, Ì bu onye? ka ayi we
nye ndi zitere ayi ihe-ọziza. Ì si gini
bayere onwe-gi? 23 Ọ siri, Mu onwem
bu olu otù onye nēti nkpu n'ọhia, si,
Menu uzọ Onye-nwe-ayi ka o guzozie,
dika Aisaia onye-amuma kwuru. 24 Ma
ufọdu nime ha ka ezitereri site n'etiti
ndi-Farisi. 25 Ha we jua ya, si ya, Ọ
bu kwa gini mere i nēme baptism, ma ọ
buru na gi onwe-gi abugh Kraist ahu,
ma bugh Elaija, ma i bugh onye-
amuma ahu? 26 Jọn zara ha, si, Mu
onwem nēji miri me baptism: n'etiti
unu ka otù Onye nēguzo Nke unu onwe-
unu nāmatagh, 27 bú Onye ahu Nke
nābia n'azum, Onye mu onwem
nēkwesigh itọpu eriri akpukpọ-ukwu-

Ya. 28 Emere ihe ndia na Betani n'ofè
Jọdan, ebe Jọn nēme baptism.
29 N'echi-ya ọ hu Jisus ka Ọ
nābiakute ya, ọ we si, Le, Nwa-aturu
Chineke, Nke nēbupu nmehie nke uwa!
30 Onye a bu Onye mu onwem kwuru
okwu bayere Ya, si, Otù Nwoke nābia
n'azum Onye ghọworo Onye burum
uzọ: n'ihi na Ọ buri Onye mbu n'ebe
m'nọ. 31 Mu onwem amagh kwa Ya;
ma ka eme Ya ka Ọ puta ìhè nye Israel,
n'ihi nka ka mu onwem biara nēji miri
eme baptism. 32 Jọn we ḅa àmà, si,
Ekiriwom Mọ Nsọ ka O si n'elu-igwe
nēfeda ka nduru; Ọ we nọgide n'aru Ya.
33 Mu onwem amagh kwa Ya: ma Onye
ziterem ka m'were miri me baptism,
Onye ahu sirim, Onye ọ bula i gāhu Mọ
Nsọ ka O nēfedakwasi Ya, nānọgide kwa
n'aru Ya, Onye ahu bu Onye nēji Mọ
Nsọ eme baptism. 34 Mu onwem
ahuwo kwa, ḅa kwa àmà na Onye a bu
Ọkpara Chineke.
35 Ọzọ n'echi-ya Jọn guzoro, ya
na madu abua nime ndi nēso uzọ-ya;
36 ọ we le Jisus anya ka Ọ nējeghari, ọ
si, Le, Nwa-aturu Chineke! 37 Madu
abua ahu ndi nēso uzọ-ya we nu ka o
nēkwu, ha we so Jisus. 38 Jisus we
chigharia, kiri ha ka ha nēso Ya, Ọ si
ha, Gini ka unu nāchọ? Ha we si Ya,
Rabai (nke isi-ya bu, ma asugharia ya,
Onye-ozizí), òle ebe I bi? 39 Ọ si ha,
Bianu, unu gāhu kwa. Ya mere ha biara
hu ebe O biri; ha na Ya we nọgide
ubọchi ahu; ọ di ka oge hour nke-iri.
40 Otù nime madu abua ahu ndi nuru
okwu si n'ọnu Jọn puta, ndi so-kwa-
ra Ya, bu Andru, nwa-nne Saimon.
41 Onye ahu buru uzọ chọta nwa-nne
nke aka ya, bú Saimon, si ya, Ayi ahuwo
Mesaia-ayi (nke bu, ma asugharia ya,
Kraist). 42 O duru ya biakute Jisus.
Jisus lere ya anya, si, Gi onwe-gi bu
Saimon nwa Jọn: agākpọ gi onwe-gi
Kifas (nke bu Pita, ma asugharia ya).
43 N'echi-ya Ọ chọrọ ipu ga Galili, Ọ
we hu Filip: Jisus we si ya, Som.
44 Ma Filip bu onye Betsaida, onye si
n'obodo Andru na Pita puta. 45 Filip
we chọta Nataniel, si ya, Ayi ahuwo
Onye Moses dere ihe bayere Ya
n'akwukwọ iwu, Onye ndi-amuma de-
kwa-ra ihe bayere Ya, Jisus Onye
Nazaret, Nwa Josef. 46 Nataniel we si
ya, Ọ̀ di ezi ihe ọ bula puru isi na
Nazaret puta? Filip si ya, Bia le.
47 Jisus huru Nataniel ka ọ nābiakute
Ya, Ọ we kwue okwu bayere ya, si, Le,
onye Israel n'ezie, onye aghughọ nādigh
ya n'aru! 48 Nataniel si Ya, Òle ebe I
maram? Jisus zara, si ya, Mḅe Filip
akākpọgh gi, mḅe i nọ n'okpuru osisi
fig, ahurum i. 49 Nataniel zara Ya,
si, Rabai, Gi onwe-gi bu Ọkpara
Chineke; Gi onwe-gi bu Eze Israel.
50 Jisus zara, si ya, N'ihi na M'siri gi,
Ahurum i n'okpuru osisi fig, ì kwere
ekwe? i gāhu ihe kariri ihe ndia uku.
51 Ọ si kwa ya, N'ezie, n'ezie, asim unu,
Unu gāhu elu-igwe ka emegheworo ya,
hu kwa ndi-mọ-ozi nke Chineke ka ha
nārigo nārida kwa n'aru Nwa nke madu.

2 1 N'ubọchi nke-atọ ọlulu-nwunye di
na Kena nke Galili; nne Jisus nọ
kwa n'ebe ahu: 2 ewe kpọ kwa Jisus,
Ya na ndi nēso uzọ-Ya, bia n'ọlulu-
nwunye ahu. 3 Mḅe manya-vine kọrọ,
nne Jisus we si Ya, Ha enwegh manya-
vine. 4 Jisus we si ya, Nwayi, gini ka
Mu na gi nwekọrọ? oge hour nkem
akābiarugh. 5 Nne-Ya si ndi nēje ozi,
Ihe ọ bula Ọ si unu me, menu ya. 6 Ma
adọbara n'ebe ahu ite nkume miri isi,
dika ime-ọcha nke ndi-Ju si di, nānagide
firkin abua ma-ọbu atọ n'otù n'otù.
7 Jisus si ha, Were miri ḅajue ite-
miri ndia. Ha we ḅajupu ha n'ọnu.
8 Ọ we si ha, Kuputanu uḅu a, bugara
onye-isi oriri. Ha we būru ya. 9 Ma
mḅe onye-isi oriri ahu deturu miri ahu
ọnu nke ghọrọri manya-vine, ma ọ
matagh ebe o si puta (ma ndi nēje ozi ndi
kuputarari miri ahu mara), onye-isi oriri
ahu we kpọ onye nālu nwunye ọhu,
10 si ya, Onye ọ bula nēbu uzọ adọba
manya-vine ọma; mḅe ọ bula madu
ṅubigasiri manya ókè ọ we dọba nke
jọkariri njọ: gi onwe-gi edebewo manya-
vine ọma rue uḅu a. 11 Jisus mere
nmalite ihe-iriba-ama-Ya nile nka na
Kena nke Galili, we me ka ebube-Ya
puta ìhè; ndi nēso uzọ-Ya we kwere na
Ya.
12 Mḅe ihe a gasiri Ọ ridara na
Kapanaum, Ya onwe-ya, na nne-Ya,
na umu-nne-Ya, na ndi nēso uzọ-Ya:
ha we nọgide n'ebe ahu ọ bugh ọtutu
ubọchi.
13 Ememe ngabiga nke ndi-Ju we di

nso, Jisus we rigoro Jerusalem. 14 Ọ
we hu n'ulo uku Chineke ndi nēre ehi na
aturu na nduru, na ndi nāḇanwe ego
ka ha nọduru ala: 15 Ọ we chiri udọ̀
me utari, we chupu ha nile n'ulo uku
Chineke, ma aturu ma ehi ahu; Ọ wusì
ego ndi nāḇanwe ego, kpù kwa table-ha
iru; 16 Ọ si ndi nēre nduru, Chipunu
ihe ndia n'ebe a; unu emela ulo Nnam
ka ọ buru ulo ahia. 17 Ndi nēso uzọ-Ya
chetara na edere ya-ri n'akwukwọ nsọ,
si, Ekworo ulo-Gi gēripiam. 18 Ya
mere ndi-Ju zara, si Ya, Ọ bu ihe-iriba-
ama gini ka I nēgosi ayi, ebe I nēme ihe
ndia? 19 Jisus zara, si ha, Kwatunu
ulo nsọ a, n'ubọchi atọ M'gēweli kwa
ya elu. 20 Ya mere ndi-Ju siri, Ọgu arọ
abua na isi ka eji wu ulo nsọ a, Gì onwe-
gi gēweli kwa ya n'ubọchi atọ? 21 Ma
Ya onwe-ya nēkwu okwu bayere ulo nsọ
nke bu aru-Ya. 22 Ya mere mḇe emere
ka O si na ndi nwuru anwu bilie, ndi
nēso uzọ-Ya chetara na O kwuru okwu
a; ha we kwere ihe edeworo n'akwukwọ
nsọ, ya na okwu Jisus kwuru.
23 Ma mḇe Ọ nọ na Jerusalem
n'ememe ngabiga, n'ememe ahu, ọtutu
madu kwere n'aha-Ya, n'ihi na ha nāhu
ihe-iriba-ama-Ya nile nke Ọ nēme.
24 Ma Jisus onwe-ya araragh Onwe-ya
nye n'aka-ha na ntukwasi-obi, n'ihi na
Ọ mara madu nile, 25 ya na n'ihi na
ọ digh Ya nkpà ka onye ọ bula ḇara
madu àmà; n'ihi na Ya onwe-ya mara
ihe di nime madu.
3 1 Ma otù nwoke nime ndi-Farisi di
aha-ya bu Nikọdimọs, otù onye-isi
nke ndi-Ju: 2 Onye ahu biakutere Ya
n'abali, si Ya, Rabai, ayi matara na
I bu onye-ozizí Nke siworo n'ebe
Chineke nọ bia: n'ihi na ọ digh onye ọ
bula puru ime ihe-iriba-ama ndia nke
Gi onwe-gi nēme, ma ọ buru na Chineke
anọyegh ya. 3 Jisus zara, si ya, N'ezie,
n'ezie, asim i, Ọ buru na amugh madu
ọzọ, ọ pugh ihu ala-eze Chineke anya.
4 Nikọdimọs si ya, Èsi aǹa pu imu madu
mḇe ọ kara nká? ọ̀ puru ibà n'afọ
nne-ya nke uḇọ̀ abua, ewe mua ya?
5 Jisus zara, N'ezie, n'ezie, asim i, Ọ
buru na amugh madu site na miri na Mọ
Nsọ, ọ pugh ibà n'ala-eze Chineke.
6 Nke amuworo site n'anu-aru bu anu-
aru; nke amuwo-kwa-ra site na Mọ Nsọ
bu mọ. 7 Ka ọ ghara iju gi anya na
M'siri gi, Aghagh imu unu ọzọ. 8 Ifufe
nēfe ebe ọ nāchọ, i nānu kwa olu-ya, ma
i matagh ebe o si bia, na ebe ọ nāga:
otú a ka onye ọ bula amuworo site
na Mọ Nsọ di. 9 Nikọdimọs zara, si
Ya, Ìhe ndia si aǹa pu ime? 10 Jisus
zara, si ya, Gì onwe-gi bu onye-ozizí
Israel, ma i magh ihe ndia? 11 N'ezie,
n'ezie, asim i, Ayi nēkwu ihe ayi matara,
ayi nāḇa kwa àmà ihe ayi huru; ma
unu anaragh àmà-ayi. 12 Ọ buru na
agwaram unu ihe nke uwa, ma unu
ekwegh, ùnu gēsi aǹa kwere, ma ọ buru
na agwam unu ihe nke elu-igwe?
13 Ọ digh kwa onye ọ bula rigoworo
n'elu-igwe, ma-ọbugh Onye siri n'elu-
igwe ridata, bú Nwa nke madu. 14 Ma
dika Moses weliri agwọ n'ọhia, ọbuná
otú a aghagh iweli Nwa nke madu elu:
15 ka onye ọ bula nke kwere we nwe
ndu ebigh-ebi na Ya.
16 N'ihi na Chineke huru uwa n'anya
otú a, na Ọ nyere ọbuná Ọkpara Ọ muru
nání Ya, ka onye ọ bula nke kwere na
Ya we ghara ila n'iyì, kama ka ọ nwe
ndu ebigh-ebi. 17 N'ihi na Chineke
ezitegh Ọkpara-Ya n'uwa ka Ọ kpe uwa
ikpé; kama ka ewe site n'aka-Ya zọputa
uwa. 18 Ekpegh onye kwere na Ya
ikpé: ekpewo onye nēkwegh na Ya
ikpé uḇu a, n'ihi na ọ kwegh n'aha nke
Ọkpara Chineke muru nání Ya. 19 Ma
nka bu ikpé ahu, na Ìhè ahu abiawo
n'uwa, ma madu huru ọchichiri n'anya
kama Ìhè ahu; n'ihi na ọlu-ha jọrọ
njọ. 20 N'ihi na onye ọ bula nke nēme
ihe nādigh nma nākpọ Ìhè ahu asì,
ọ digh-abiakute kwa Ìhè ahu, ka aghara
itu ya ọlu-ya nile n'anya. 21 Ma onye
nēme ihe bu ezi-okwu nābiakute Ìhè
ahu, ka ewe me ka ọlu-ya puta ìhè, na
aluworo ha na Chineke.
22 Mḇe ihe ndia gasiri Jisus na ndi
nēso uzọ-Ya biara n'ala Judia; n'ebe
ahu ka Ya na ha nānọgide, Ọ nēme
kwa baptism. 23 Jọn nēme kwa
baptism n'Inon nke di Selem nso, n'ihi
na miri riri nne n'ebe ahu: ha we
nābia, anēme kwa ha baptism. 24 N'ihi
na akātubàgh Jọn n'ulo-nkpọrọ. 25 Ya
mere iju-ajuju putara n'etiti ndi nēso
uzọ Jọn na onye-Ju bayere ime-ọcha.
26 Ha we biakute Jọn, si ya, Rabai, Onye
gi na Ya nọ n'ofè Jọdan, Onye gi onwe-gi
ḇaworo àmà nye Ya, le, Onye ahu nēme

baptism, madu nile nābiakute kwa Ya.
27 Jọn zara, si, Madu apugh inata ihe
ọ bula, ọ buru na ewegh ya nye ya site
n'elu-igwe. 28 Unu onwe-unu nāb̤aram
àmà, na m'siri, Mu onwem abugh Kraist
ahu, kama, na ezitewom n'iru Ya.
29 Onye nwere nwunye ọhu bu onye
nālu nwunye ọhu: ma eyì nke onye
nālu nwunye ọhu, onye nēguzo nānu
kwa okwu-ya, ọ nāṅuri ọṅu nke-uku
n'ihi olu onye ahu nālu nwunye ọhu: ya
mere emezuwo ọṅùm a. 30 Ya onwe-ya
aghagh idi nāba uba, ma aghaghm idi
nāla alà.
31 Onye si n'elu bia ka ihe nile elu:
onye si n'ala puta nāputa n'ala, si kwa
n'ala nēkwu okwu: Onye si n'elu-igwe
bia ka ihe nile elu. 32 Ihe nke ọ huworo
na nke Ọ nuru, nka ka Ọ nāb̤a àmà;
ma ọ digh onye ọ bula nānara àmà-Ya.
33 Onye nara àmà-Ya kara akàrà-ya
na nka, na Chineke bu Onye ezi-okwu.
34 N'ihi na Onye ahu Chineke zitere
nēkwu okwu Chineke: n'ihi na O sitegh
n'ọtùtù enye Mọ Nsọ. 35 Nna nāhu
Ọkpara-Ya n'anya, Ọ nyewo kwa Ya ihe
nile n'aka. 36 Onye kwere n'Ọkpara
ahu nwere ndu ebigh-ebi; ma onye
nēkweyegh Ọkpara ahu agagh-ahu ndu,
kama iwe Chineke nānọgide n'aru-ya.
4 1 Ya mere mb̤e Onye-nwe-ayi mara
na ndi-Farisi nururi na Jisus nēme
madu ka ha buru ndi nēso uzọ-Ya, na
Ọ nēme kwa ha baptism, kari Jọn, 2 (ọ
bu ezie na Jisus onwe-ya emegh baptism,
kama ọ bu ndi nēso uzọ-Ya), 3 Ọ rapuru
Judia, we je Galili ọzọ. 4 Ma Ọ ghagh
igabiga n'etiti Sameria. 5 Ya mere Ọ bia
rue otù obodo nke Sameria, anākpọ
Saika, na nso iberibe ala ahu nke Jekob
nyere nwa-ya Josef: 6 ma isi-iyi Jekob
di n'ebe ahu. Ya mere Jisus, ebe ike
gwuru Ya n'ije-Ya, Ọ nọduru ala otú a
n'usọ isi-iyi ahu. Ọ ra ka oge hour
nke-isi. 7 Otù nwayi, bú onye Sameria,
bia isere miri: Jisus si ya, Nyem miri
ka M'ṅua. 8 N'ihi na ndi nēso uzọ-Ya
jereri n'obodo izu nri. 9 Ya mere nwayi
Sameria ahu si Ya, Gì onwe-gi si aṅa
ariọ miri n'akam ka I ṅua, ebe I bu
Onye-Ju, ma mu bu nwayi Sameria?
(N'ihi na ndi-Ju na ndi Sameria adigh-
emekọ ihe.) 10 Jisus zara, si ya, Ọ buru
na i matara onyinye Chineke, na Onye Ọ
bu Nke nāsi gi, Nyem miri ka M'ṅua; gi
onwe-gi gāriọ Ya-ri, Ọ gēnye kwa gi miri
di ndu. 11 Nwayi ahu si Ya, Onye-
nwe-ayi, I nwegh ihe isere miri, ma
olùlù-miri a di omimi: òle ebe kwa ka I
nwere miri ahu di ndu? 12 Ọ gābu na
Gi onwe-gi ka nna-ayi Jekob uku, onye
nyere ayi olùlù-miri a; ya onwe-ya, na
umu-ya, na anu-ulo-ya, ṅu-kwa-ra nime
ya? 13 Jisus zara, si ya, Onye ọ bula
nke nāṅu miri a, akpiri gākpọ ya nku
ọzọ: 14 ma onye ọ bula nke gāṅu miri
ahu nke Mu onwem gēnye ya, akpiri
agagh-akpọ ya nku ma-ọli rue mb̤e
ebigh-ebi; kama miri ahu nke Mu onwem
gēnye ya gāghọ nime ya isi-iyi miri
nāsuputa ri nne rue ndu ebigh-ebi.
15 Nwayi ahu si Ya, Onye-nwe-ayi,
nyem miri a, ka akpiri we ghara ikpọm
nku, ka m'ghara kwa isi n'ogologo uzọ a
nile bia ebe a isere miri. 16 Jisus si
ya, Laba, kpọ di-gi, bia kwa n'ebe a.
17 Nwayi ahu zara, si Ya, Enweghm
di. Jisus si ya, I kwuru nke-ọma, si,
Enweghm di: 18 n'ihi na i nwewo di
ise; ma onye i nwere ub̤u a abugh di-gi:
nka ka i kwuworo n'ezie. 19 Nwayi ahu
si Ya, Onye-nwe-ayi, ahurum na Gi
onwe-gi bu onye-amuma. 20 Nna-ayi-
hà nile kpọrọ isi ala nye Chineke n'ugwu
a; ma unu onwe-unu si, na ebe madu
aghagh ikpọ isi ala nye Chineke di nime
Jerusalem. 21 Jisus si ya, Nwayi,
kwerem, oge hour nābia, mb̤e unu
nāgagh-akpọ isi ala nye Nnam, ma ọ bu
n'ugwu a, ma-ọbu na Jerusalem. 22 Unu
onwe-unu nākpọ isi ala nye ihe unu
nāmatagh: ayi onwe-ayi nākpọ isi ala
nye ihe ayi matara: n'ihi na nzọputa
si n'etiti ndi-Ju puta. 23 Ma oge hour
nābia, ub̤u a ka ọ di kwa, mb̤e ndi nākpọ
isi ala n'ezie gākpọ isi ala nye Nnam
nime mọ na ezi-okwu: n'ihi na ndi di
otú ahu ka Nnam nāchọ kwa ka ha buru
ndi nākpọ isi ala nye Ya. 24 Chineke
bu Mọ: ndi nākpọ kwa isi ala nye Ya
aghagh ikpọ isi ala nime mọ na ezi-okwu.
25 Nwayi ahu si Ya, Amataram na
Mesaia nābia (Onye anākpọ Kraist):
mb̤e ọ bula Onye ahu gābia, Ọ gākọrọ
ayi ihe nile. 26 Jisus si ya, Mu onwem
Nke nāgwa gi okwu bu Ya.
27 Mb̤e O nēkwu nka ndi nēso uzọ-Ya
biara; ọ we ju ha anya na Ya na nwayi
nēkwurita okwu: otú ọ di, ọ nwegh onye
ọ bula siri, Gini ka I nāchọ? ma-ọbu,

Gini mere Gi na ya nēkwurita okwu?
28 Ya mere nwayi ahu rapuru ite-
miri-ya, we je ba nime obodo, si ndi
ahu, 29 Bianu, le otù Nwoke, Onye
gwaram the nile m'mere: Ònye a gābu
Kraist ahu? 30 Ha siri n'obodo-ha
puta, nābiakute kwa Ya. 31 Mḅe ihe
ndia nēme ndi nēso uzọ-Ya nāriọ Ya, si,
Rabai, rie ihe. 32 Ma Ọ siri ha, Mu
onwem nwere ihe-oriri iri nke unu
onwe-unu nāmatagh. 33 Ya mere ndi
nēso uzọ-Ya sirita onwe-ha, Ọ̀ di onye
wetara Ya ihe O gēri? 34 Jisus si ha,
Ihe-oririm bu ka M'nēme ihe Onye
ziterem nāchọ, ka M'luzu kwa ọlu-Ya.
35 Ùnu onwe-unu asigh, Ọnwa anọ
fọduru, owuwe-ihe-ubi ewe bia? le,
asim unu, Welienu anya-unu elu, kiri
ubi, na ha chara acha uḅu a ka ewere
ihe di nime ha. 36 Onye nēwere ihe
ubi nānara ugwọ-ọlu-ya, nāchikọta kwa
nkpuru nye na ndu ebigh-ebi; ka onye
nāgha nkpuru na onye nēwere ihe ubi we
ṅuria ọṅu n'otù. 37 N'ihi na nime nka
ka okwu a bu ezie, Otù onye nāgha
nkpuru, ma onye ọzọ nēwere ihe ubi.
38 Mu onwem zigara unu iwere ihe ubi
nke ọ digh mḅe unu onwe-unu dọḅuworo
onwe-unu n'ilu ya: ndi ọzọ adọḅuwo
onwe-ha n'ọlu, unu onwe-unu abàwo
kwa na ndọḅu-ha.

39 Ma ọtutu ndi Sameria si n'obodo
ahu kwere na Ya n'ihi okwu nwayi ahu,
onye ḅara àmà, si, Ọ gwaram ihe nile
m'mere. 40 Ya mere mḅe ndi Sameria
biakutere Ya, ha riọ Ya ka Ọ nọyere
ha: Ọ we nọgide n'ebe ahu ubọchi abua.
41 Ma ndi kwere n'ihi okwu-Ya kariri
ri nne; 42 ha we si nwayi ahu, Ọ bugh
n'ihi ihe i kwuru ka ayi nēkwe uḅu a:
n'ihi na ayi onwe-ayi anuwo, mata kwa
na Onye a bu Onye-nzọputa nke uwa
n'ezie.

43 Ma mḅe ubọchi abua ahu gasiri,
O si n'ebe ahu pua ba na Galili. 44 N'ihi
na Jisus onwe-ya ḅara àmà, na adigh-
asọpuru onye-amuma n'ala nke aka ya.
45 Ya mere mḅe Ọ biara na Galili, ndi
Galili nara Ya nke-ọma, ebe ha hururi
ka ihe Ọ mere na Jerusalem ra n'ememe:
n'ihi na ha onwe-ha je-kwa-ra ememe
ahu.

46 Ya mere Ọ biaruru Kena nke Galili
ọzọ, ebe Ọ mere miri ká ọ ghọ manya-
vine. Ma otù nwoke nke nējere eze
ozi di, nke aru nādigh nwa-ya nwoke
ike na Kapanaum. 47 Mḅe onye ahu
nuru na Jisus esiwo na Judia puta ba na
Galili, ọ jekuru Ya, riọ Ya ka Ọ ridata,
me ka aru di nwa-ya ike; n'ihi na ọ nọ
n'ọnu ọnwu. 48 Ya mere Jisus siri ya,
Ọ buru na unu ahugh ihe-iriba-ama
na ọlu-ebube, unu agagh-ekwe ma-ọli.
49 Nwoke ahu nke nējere eze ozi si Ya,
Onye-nwe-ayi, ridata mḅe nwatakirim
akānwugh. 50 Jisus si ya, Ga nke gi;
nwa-gi nwoke di ndu. Nwoke ahu
kwere okwu Jisus gwara ya, ọ we ga
nke ya. 51 Ma mḅe ọ nọ nārida uḅu a,
ndi-orù-ya zutere ya, si, na nwa-ya
di ndu. 52 Ya mere ọ juru ha oge hour
nke aru-ya malitere idi ya nma. Ya
mere ha siri ya, Nyahuru n'oge hour
nke-asa ka aru-ọku rapuru ya. 53 Ya
mere nna-ya mara na ọ bu n'oge hour
ahu mḅe Jisus siri ya, Nwa-gi nwoke di
ndu: ya onwe-ya we kwere, na èzí-na-
ulo-ya dum. 54 Nka bu ihe-iriba-ama
ọzọ nke mere ha abua nke Jisus mere,
mḅe O siri na Judia puta ba na Galili.

5 1 Mḅe ihe ndia gasiri otù ememe
nke ndi-Ju di; Jisus we rigoro
Jerusalem.

2 Ma ọdọ-miri ntà di na Jerusalem
n'akuku ọnu-uzọ-ama nke aturu, nke
anākpọ n'asusu Hibru Betesda, nke
nwere ulo-ìbà ise. 3 Nime ndia ka
ìgwè madu ndi aru-ha nādigh ike
nādina, ndi-ìsì, ndi-ngwurọ, ndi akuku-
aru-ha kpọnwuru akpọnwu, [nēche
uṅarà nke miri ahu. 4 N'ihi na mọ-ozi
nke Onye-nwe-ayi nāridata n'ọdọ-miri
ntà ahu n'oge ufọdu, we kpasue miri
ahu: ya mere onye buru uzọ ba nime ya
mḅe akpasusiri miri ahu, eme ka aru di
ya nma, n'ọria ọ bula jidere ya.] 5 Ma
otù nwoke nọ n'ebe ahu, onye nọri orú
arọ na iri na asatọ na nriaria-ya. 6 Mḅe
Jisus huru onye a ka o nēdina, ebe Ọ ma-
kwa-ra na ọ nọri ogologo oge n'ọnọdu
ahu, Ọ si ya, Ì nāchọ ka eme ka aru di gi
nma? 7 Onye ahu aru nādigh ike zara
Ya, si, Onye-nwe-ayi, enweghm madu,
ka ọ tubàm n'ọdọ-miri ntà nka, mḅe ọ
bula akpasuru miri: ma mḅe mu onwem
nọ nābia, onye ọzọ eburum uzọ rida.
8 Jisus si ya, Bilie, chiri ute-gi, nējeghari.
9 Ngwa ngwa ewe me ka aru di nwoke
ahu nma, ọ we chiri ute-ya, we nējeghari.
Ma ọ bu ubọchi-izu-ike n'ubọchi ahu.

10 Ya mere ndi-Ju nāsi onye ahu emere
ka aru-ya di ike, Ọ bu ubọchi-izu-ike, o
zigh kwa ezi n'iwu ka i chiri ute-gi.
11 Ma ọ zara ha, si, Onye mere ka aru
dim nma, onye ahu sirim, Chiri ute-gi,
nējeghari. 12 Ha juru ya, si, Onye bu
Madu ahu Nke siri gi, Chiri u e-gi,
nējeghari? 13 Ma onye ahu emere ka
aru di ya ike amatagh Onye ọ bu: n'ihi
na Jisus wezugarari Onwe-ya, n'ihi na
ìgwè madu di n'ebe ahu. 14 Mḅe ihe
ndia gasiri Jisus chọputara ya n'ulo uku
Chineke, si ya, Le, emewo ka aru di gi
nma: emehiela ọzọ, ka ihe jọkariri njọ
ghara ime gi. 15 Nwoke ahu iere, gwa
ndi-Ju na ọ bu Jisus mereri ka aru di ya
nma. 16 N'ihi nka ka ndi-Ju nēsoḅu
kwa Jisus, n'ihi na Ọ nēme ihe ndia
n'ubọchi-izu-ike. 17 Ma Jisus zara ha,
si, Nnam nālu ọlu rue uḅu a, Mu onwem
nālu kwa ọlu. 18 Ya mere n'ihi nka ka
ndi-Ju nāchọ kari uzọ iḅu Ya, n'ihi na
ọ bugh náni na Ọ nēmebi ubọchi-izu-
ike, kama Ọ nākpọ kwa Chineke Nna
nke aka Ya, nēme ka Ya onwe-ya na
Chineke ra.

19 Ya mere Jisus zara, si ha,
N'ezie, n'ezie, asim unu, Ọkpara
apugh ime ihe ọ bula n'Onwe-ya, ma-
ọbugh ihe Ọ huru na Nna-Ya nēme:
n'ihi na ihe ọ bula Ya onwe-ya nēme,
ndia ka Ọkpara-Ya nēme kwa otú ahu.
20 N'ihi na Nnam nāhu Ọkpara-Ya
n'anya, nēgosi kwa Ya ihe nile Ya onwe-
ya nēme: oké ọlu kari ndia ka O gēgosi
kwa Ya, ka ọ we ju unu onwe-unu anya.
21 N'ihi na dika Nnam nēme ndi nwuru
anwu ka ha si n'ọnwu bilie, dika Ọ
nēme kwa ka ha di ndu, otú a ka Ọkpara-
Ya nēme kwa ka ndi Ọ nāchọ di ndu.
22 N'ihi na Nnam adigh-ekpe kwa madu
ọ bula ikpé, kama Ọ werewo ikpé nile
nye Ọkpara-Ya; 23 ka madu nile we
sọpuru Ọkpara ahu, dika ha nāsọpuru
Nna-Ya. Onye nādigh- asọpuru Ọkpara
adigh-asọpuru Nna Nke zitere Ya.
24 N'ezie, n'ezie, asim unu, Onye nānu
okwum, nke nēkwere kwa Onye ziterem,
ọ nwere ndu ebigh-ebi, ọ biagh kwa
n'ikpé, kama o sitewo n'ọnwu ba na ndu.
25 N'ezie, n'ezie, asim unu, Oge hour
nābia, uḅu a ka ọ di kwa, mḅe ndi nwuru
anwu gānu olu Ọkpara Chineke; ndi
nuru gādi kwa ndu. 26 N'ihi na dika
Nnam nwere ndu nime Onwe-ya, otú a
ka Ọ nye-kwa-ra Ọkpara-Ya inwe ndu
nime Onwe-ya: 27 Ọ nye-kwa-ra Ya
ike ilu ọlu ikpé, n'ihi na Ọ bu Nwa nke
madu. 28 Ka ihe a ghara iju unu anya:
n'ihi na oge hour nābia mḅe ndi nile di
n'ìlì gānu olu-Ya, 29 ha gāputa kwa;
ndi mere ezi ihe gābà na nbilite-n'ọnwu
nke ndu; ma ndi mere ihe nādigh nma
gābà na nbilite-n'ọnwu nke ikpé.

30 Mu onwem apugh ime ihe ọ bula
n'Onwem: dika M'nānu M'nēkpe:
ikpem zi-kwa-ra ezi; n'ihi na etughm ihe
Mu onwem nāchọ, kama ihe Onye
ziterem nāchọ. 31 Ọ buru na Mu
onwem aḅara Onwem àmà, àmàm abugh
ezie. 32 Ọ bu onye ọzọ naḅaram àmà;
amata-kwa-ram na àmà nke Ọ nāḅaram
bu ezie. 33 Unu onwe-unu ezigaworo
Jọn, ọ ḅawo-kwa-ra ezi-okwu ahu àmà.
34 Ma àmà nke Mu onwem nānara
esigh n'ọnu madu puta: otú ọ di, ihe
ndia ka M'nēkwu, ka ewe zọputa unu.
35 Onye ahu bu oriọna ahu nke nēre ere
nāmu kwa: unu onwe-unu chọ-kwa-ra
ka obi tọ unu utọ nke-uku n'ìhè-ya nwa
oge. 36 Ma àmà nke Mu onwem ji ka
nke Jọn uku: n'ihi na ọlu nke Nnam
nyeworom ka M'luzue ha, ọlu ahu
onwe-ha nke M'nālu, nāḅaram àmà, na
Nnam ziteworom. 37 Nna nke ziterem,
Ya onwe-ya aḅawo-kwa-ram àmà. Ọ
digh mḅe ọ bula unu nuworo olu-Ya, ọ
digh kwa mḅe ọ bula unu huworo oyiyi-
Ya. 38 Unu enwegh kwa okwu-Ya ka
ọ nọgide nime unu: n'ihi na Onye Ya
onwe-ya zitere, Onye ahu ka unu onwe-
unu nēkwegh 39 Unu nēnyocha ihe
edeworo n'akwukwọ nsọ, n'ihi na unu
onwe-unu nēchè na unu nēnwe ndu
ebigh-ebi nime ha; ha onwe-ha bu kwa
ihe nāḅaram àmà; 40 unu achọgh kwa
ibiakutem, ka unu we nwe ndu.
41 Anaraghm otuto n'aka madu. 42 Ma
amaram unu, na unu enwegh ihu-
n'anya Chineke nime onwe-unu. 43 Mu
onwem abiawo n'aha Nnam, ma unu
anaraghm: ọ buru na onye ọzọ gābia
n'aha nke aka ya, onye ahu ka unu
gānara. 44 Unu onwe-unu si aňa pu
ikwe, ebe unu nānara otuto n'aka ibe-
unu, ma otuto nke si n'aka Onye ahu
Nke náni Ya bu Chineke bia unu
achọgh? 45 Unu echèla na Mu onwem
gēbo unu ebubo n'iru Nnam: otù onye
di nēbo unu ebubo, bú Moses, onye unu

onwe-unu tukwasiworo obi-unu na ya.
46 N'ihi na ọ buru na unu kwere Moses,
unu gēkwem; n'ihi na ya onwe-ya dere
ihe bayerem n'akwukwọ. 47 Ma ọ buru
na unu ekwegh ihe onye ahu dere
n'akwukwọ, ùnu gēsi aṅa kwere okwu
nkem?

6 1 Mḅe ihe ndia gasiri Jisus jere n'ofè
ọzọ nke oké osimiri Galili, nke bu
osimiri Taibirias. 2 Oké ìgwè madu we
so Ya, n'ihi na ha huru ihe-iriba-ama di
iche iche nke Ọ nēme n'aru ndi aru-ha
nādigh ike. 3 Jisus we rigo n'ugwu
ahu, n'ebe ahu ka Ya na ndi nēso uzọ-Ya
nọdu-kwa-ra ala. 4 Ma ngabiga, bú
ememe ndi-Ju, di nso. 5 Ya mere
Jisus, mḅe Ọ weliri anya-Ya elu, hu na
oké ìgwè madu nābiakute Ya, Ọ si
Filip, Ole ebe ayi gāzuta oḅe achicha, ka
ndia we rie ihe? 6 Ma nka ka O kwuru
inwa ya: n'ihi na Ya onwe-ya matara ihe
Ọ gāje ime. 7 Filip zara Ya, Oḅe
achicha ọgu shilling iri agagh-ezu ha, ka
madu nile n'otù n'otù we were nke-ntà
nke-ntà. 8 Otù nime ndi nēso uzọ-Ya,
bú Andru nwa-nne Saimon Pita, si Ya,
9 Otù nwa-okoro ntà nọ n'ebe a, onye ji
oḅe achicha barley ise, na azù abua: ma
ǹdia bu gini n'etiti ọtutu madu di otú
a? 10 Jisus siri, Menu ka madu ndia
nọdu ala. Ma ahihia riri nne n'ebe ahu.
Ya mere ndikom ahu we nọdu ala,
n'ọnu-ọgugu ra ka nnù iri na nnù abua
na ọgu iri. 11 Ya mere Jisus nara oḅe
achicha ise ahu, we kele, we kèsa ha nye
ndi nānọdu ala; otú ahu Ọ were azù
ahu kèsa nye ha ka azù ha chọrọ ra.
12 Ma mḅe afọ juru ha, Ọ si ndi nēso
uzọ-Ya, Chikọtanu iberibe fọduru, ka
ihe ọ bula ghara ila n'iyì. 13 Ya mere
ha chikọtara ha, we kpoju nkata iri na
abua n'iberibe sitere n'oḅe achicha
barley ise ahu, nke fọduru ndi riworori.
14 Ya mere mḅe ndi ahu huru ihe-iriba-
ama Ọ mere, ha siri, N'ezie Onye a bu
onye-amuma ahu nke nābia n'uwa.

15 Ya mere mḅe Jisus huru na ha gaje
ibia idọkpuru Ya n'ike, ka ha we me Ya
eze, Ọ wezugara Onwe-ya ọzọ n'ugwu
nání Ya onwe-ya.

16 Ma mḅe o ruru anyasi, ndi nēso
uzọ-Ya ridara n'oké osimiri; 17 ha we
ba n'uḅọ, we nāgabiga ofè oké osimiri
ọzọ iga ru Kapanaum. Ọchichiri aḅawo-
kwa-ri uḅu a, Jisus akābiakutegh kwa ha.
18 Oké osimiri nēbili kwa, n'ihi na oké
ifufe nēfe. 19 Ya mere mḅe ha nyasiri
ihe dika orú furlong na ise ma-ọbu orú
na iri, ha hu Jisus ka Ọ nēje ije n'elu oké
osimiri, nābiaru kwa uḅọ-ha nso: ha we
tua egwu. 20 Ma Ọ siri ha, Ọ bu Mu
onwem; unu atula egwu. 21 Ya mere
ha chọrọ iwebata Ya nime uḅọ-ha: ngwa
ngwa uḅọ-ha we rue ala ebe ha nāga.

22 N'echi-ya, ìgwè madu ndi guzoro
n'ofè ọzọ nke oké osimiri ahu huru na
uḅọ ntà ọzọ adigh n'ebe ahu, ma-ọbugh
otù, hu kwa na Jisus esogh ndi nēso uzọ-
Ya ba n'uḅọ-ha, kama na nání ndi nēso
uzọ-Ya jere; 23 (otú ọ di, uḅọ ntà di
iche iche sitere na Taibirias bia rue ebe
ahu nso ebe ha riri achicha ahu mḅe
Onye-nwe-ayi kelesiri ekele): 24 ya
mere mḅe ìgwè madu ahu huru na Jisus
anọgh n'ebe ahu, na ndi nēso uzọ-Ya
anọgh kwa, ha onwe-ha bàra n'uḅọ ntà,
we bia Kapanaum, nāchọ Jisus. 25 Mḅe
ha chọputara Ya n'ofè oké osimiri ọzọ,
ha si Ya, Rabai, òle mḅe I biara n'ebe a?
26 Jisus zara ha, si, N'ezie, n'ezie, asim
unu, Unu nāchọm, ọ bugh n'ihi na unu
huru ihe-iriba-ama, kama ọ bu n'ihi
na unu riri ufọdu nime oḅe achicha ahu,
afọ ju kwa unu. 27 Unu alula ọlu
inata ihe-oriri nke nāla n'iyì, kama inata
ihe-oriri nke nānọgide rue ndu ebigh-
ebi, nke Nwa nke madu gēnye unu:
n'ihi na Onye ahu ka Nna, bú Chineke,
kara akàrà. 28 Ya mere ha siri Ya,
Gini kwesiri ka ayi me, ka ayi we lua
ọlu Chineke nile? 29 Jisus zara, si ha,
Nka bu ọlu Chineke, ka unu kwere
n'Onye ahu Ya onwe-ya zitere. 30 Ya
mere ha siri Ya, Gini kwa ka Gi onwe-gi
nēme ka ọ buru ihe-iriba-ama, ka ayi
we hu, kwere kwa Gi? gini ka I nālu?
31 Nna-ayi-hà riri manna n'ọhia; dika
edeworo n'akwukwọ nsọ, si, Nri nke
sitere n'elu-igwe ka Ọ nyere ha ka ha rie.
32 Ya mere Jisus siri ha, N'ezie, n'ezie,
asim unu, Ọ bugh Moses nyere unu nri
ahu nke sitere n'elu-igwe; kama ọ bu
Nnam nēnye unu ezi nri ahu nke
sitere n'elu-igwe. 33 N'ihi na nri nke
Chineke bu nke ahu nke nēsi n'elu-igwe
aridata, nke nēnye kwa uwa ndu. 34 Ye
mere ha siri Ya, Onye-nwe-ayi, nye
ayi nri a mḅe nile. 35 Jisus siri ha,
Mu onwem bu nri nēnye ndu: onye
nābiakutem, agu agagh-agu ya ma-ọli,

onye nēkwere kwa na Mu akpiri agagh-
akpọ ya nku ma-ọli mḅe ọ bula. 36 Ma
asirim unu, na unu ahuwom, ma unu
ekwegh. 37 Ihe nile nke Nnam nēnyem
gābiakutem; onye nābiakutekwam
M'gagh-achupu ya ma-ọli. 38 N'ihi na
esiwom n'elu-igwe ridata, ọ bugh ka
M'nēme ihe Mu onwem nāchọ, kama ka
M'nēme ihe Onye ziterem nāchọ. 39 Ma
nka bu ihe Onye ziterem nāchọ, ka
M'ghara itufu ihe ọ bula nime ihe nile
Ọ nyeworom, kama ka M'me ka o si
n'ọnwu bilie n'ubọchi ikpe-azu. 40 N'ihi
na nka bu ihe Nnam nāchọ, ka onye ọ
bula nke nēle Ọkpara-Ya anya, nke
nēkwere kwa na Ya, we nwe ndu ebigh-
ebi; Mu onwem gēme kwa ka o si
n'ọnwu bilie n'ubọchi ikpe-azu.

41 Ya mere ndi-Ju nātamu ntamu
megide Ya, n'ihi na Ọ siri, Mu onwem
bu nri nke siri n'elu-igwe ridata. 42 Ha
we si, Onye a, Ọ̀ bugh Jisus, Nwa Josef,
Onye ayi onwe-ayi mara nna-Ya na nne-
Ya? Ò si aňa kwue uḅu a, Esiwom n'elu-
igwe ridata? 43 Jisus zara, si ha, Unu
atamula n'etiti onwe-unu. 44 Ọ digh
onye ọ bula puru ibiakutem, ọ buru na
Nna Nke ziterem adọgh ya: Mu onwem
gēme kwa ka o si n'ọnwu bilie n'ubọchi
ikpe-azu. 45 Edewo ya n'akwukwọ
ndi-amuma, si, Ha nile gābu kwa ndi
Chineke zíworo ihe. Onye ọ bula nke
nuworo site n'ọnu Nnam, nke mutawo-
kwa-ra ihe, ọ nābiakutem. 46 Ọ bugh
na madu ọ bula ahuwo Nnam, ma-ọbugh
Onye ahu Nke si n'ebe Chineke nọ puta,
Onye ahu ahuwo Nnam. 47 N'ezie,
n'ezie, asim unu, Onye nēkwere nēnwe
ndu ebigh-ebi. 48 Mu onwem bu nri
nke nēnye ndu. 49 Nna-unu-hà riri
manna ahu n'ọhia, ha we nwua. 50 Nka
bu nri nke si n'elu-igwe ridata, ka madu
we rie ufọdu nime ya, ghara kwa inwu
anwu. 51 Mu onwem bu nri di ndu nke
siri n'elu-igwe ridata: ọ buru na madu
erie ufọdu nime nri a, ọ gādi ndu rue
mḅe ebigh-ebi: ma nri nke Mu onwem
gēnye kwa bu anu-arum, n'ihi ndu nke
uwa.

52 Ya mere ndi-Ju nālurita ọ̀gù n'etiti
onwe-ha, si, Onye a, Ò si aňa pu inye ayi
anu-aru-Ya ka ayi rie? 53 Ya mere
Jisus siri ha, N'ezie, n'ezie, asim unu,
Ọ buru na unu erigh anu-aru nke Nwa
nke madu, ọ buru kwa na unu aňugh
ọbara-Ya, unu enwegh ndu nime onwe-
unu. 54 Onye nēri anu-arum, nke nāňu
kwa ọbaram, ọ nwere ndu ebigh-ebi; Mu
onwem gēme kwa ka o si n'ọnwu bilie
n'ubọchi ikpe-azu. 55 N'ihi na anu-
arum bu ihe-oriri n'ezie, ọbaram bu kwa
ihe-ọňuňu n'ezie. 56 Onye nēri anu-
arum, nke nāňu kwa ọbaram, ọ nānọgide
nimem, Mu onwem kwa nime ya.
57 Dika Nna Nke di ndu ziterem, dika
Mu onwem di kwa ndu n'ihi Nnam; otú
a onye nērim, onye ahu gādi kwa ndu
n'ihim. 58 Nka bu nri ahu nke siri
n'elu-igwe ridata: ọ bugh dika nna-unu-
hà riri, we nwua: onye nēri nri a gādi
ndu rue mḅe ebigh-ebi. 59 Ihe ndia ka
O kwuru n'ulo-nzukọ, mḅe O nēzí ihe
na Kapanaum.

60 Ya mere ọtutu nime ndi nēso uzọ-
Ya, mḅe ha nuru okwu ahu, ha siri,
Okwu a di ike; ònye puru inu ya?
61 Ma ebe Jisus mara n'Onwe-ya na ndi
nēso uzọ-Ya nātamu ntamu n'ihi nka,
Ọ siri ha, Ọ̀ bu nka nēme ka unu ma
n'ọnyà? 62 Ùnu agagh-amakari kwa
n'ọnyà ma ọ buru na unu ahu Nwa nke
madu ka Ọ nārigo n'ebe Ọ nọri mbu?
63 Ọ bu Mọ nēme ka madu di ndu; anu-
aru abagh urù ọ bula: okwu nke Mu
onwem gwaworo unu, ha bu mọ, buru
kwa ndu. 64 Ma ufọdu ndi nēkwegh di
n'etiti unu. N'ihi na Jisus mara site
na mbu ndi ha bu ndi nēkwegh, na onye
ọ bu nke gārara Ya nye. 65 Ọ we si, Ọ bu
n'ihi nka ka M'siworo unu, na ọ digh
onye ọ bula puru ibiakutem, ọ buru na
enyegh ya site n'aka Nnam.

66 Site na nka ọtutu nime ndi nēso
uzọ-Ya we laghachi azu, ha esogh kwa
Ya ejeghari ọzọ. 67 Ya mere Jisus siri
ndi-ozi iri na abua ahu, Ùnu onwe-unu
nāchọ kwa ila? 68 Saimon Pita zara
Ya, si, Onye-nwe-ayi, Ònye ka ayi
gējekuru? I nwere okwu nke ndu
ebigh-ebi. 69 Ọzọ, ayi onwe-ayi
ekwerewo mara kwa na Gi onwe-gi bu
Onye Nsọ ahu nke Chineke. 70 Jisus
zara ha, si, Ọ̀ bugh Mu onwem
rọputara unu, bú ndi-ozi iri na abua,
ma otù onye nime unu bu nwa ekwensu?
71 Ma O nēkwu ihe bayere Judas nwa
Saimon Iskariot, n'ihi na onye ahu gaje
irara Ya nye, buru otù onye nime ndi-
ozi iri na abua ahu.

7 1 Mḅe ihe ndia gasiri Jisus we
nējeghari na Galili: n'ihi na Ọ chọgh
ijeghari na Judia, n'ihi na ndi-Ju nāchọ
uzọ iḅu Ya. 2 Ma ememe ahu nke ndi-
Ju, bú ememe ulo-ikwū, di nso. 3 Ya
mere umu-nne-Ya siri **Ya,** Si n'ebe a
pua, je na Judia, ka ndi **nēso** uzọ-Gi we
hu kwa ọlu-Gi nile nke I nālu. 4 N'ihi
na ọ digh onye ọ bula nēme ihe ọ bula
na nzuzo, ma asi na ya onwe-ya nāchọ
ka ọra madu mara ya. Ọ buru na I nēme
ihe ndia, me Onwe-gi ka I puta ìhè nye
uwa. 5 N'ihi na ọbuná umu-nne-Ya
ekwegh na Ya. 6 Ya mere Jisus si ha,
Oge nkem akērugh; ma oge nke unu bu
ihe edoziworo mḅe nile. 7 Uwa apugh
ikpọ unu asì; ma ọ nākpọ Mu onwem
asì, n'ihi na Mu onwem nāḅara ya àmà,
na ọlu-ya nile jọrọ njọ. 8 Rigonu
onwe-unu n'ememe a: Mu onwem
agagh-arigoro ememe a uḅu a; n'ihi na
oge nkem akēzugh. 9 Ma mḅe Ọ
gwasiri ha okwu ndia, Ọ nānọgide na
Galili.

10 Ma mḅe umu-nne-Ya rigosiri
ememe ahu, mḅe ahu Ya onwe-ya rigo-
kwa-ra, ọ bugh n'iru ọra madu, kama
dika ọ bu na nzuzo. 11 Ya mere ndi-Ju
nāchọ Ya n'ememe, nāsi, Òle ebe Onye
ahu nọ? 12 Oké ntamu di kwa n'etiti
ìgwè madu nile bayere Ya: ufọdu nāsi,
Ọ bu ezi madu; ndi ọzọ nāsi, É-è, kama
O nēduhie ìgwè madu a. 13 Otú ọ di,
ọ digh onye ọ bula nēkwuwa okwu
bayere Ya n'ihi egwu ndi-Ju.

14 Ma mḅe o ruru n'etiti ememe ahu
uḅu a Jisus rigoro n'ulo uku Chineke, we
nēzí ihe. 15 Ya mere o nēju ndi-Ju
anya, ha si, Onye a, Ò si aṅa mata
akwukwọ ri nne, n'ebe ọ digh mḅe Ọ
muworo akwukwọ? 16 Ya mere Jisus
zara ha, si, Ozizím abugh nkem, kama ọ
bu nke Onye ziterem. 17 Ọ buru na
onye ọ bula achọ ime ihe Ọ nāchọ, ọ
gāmara ihe ozizí a bu, ma o sitere n'aka
Chineke, ma-ọbu na Mu onwem nēkwu
site n'Onwem. 18 Onye nēkwu site
n'onwe-ya nāchọ otuto nke aka ya: ma
onye nāchọ otuto nke onye zitere ya,
onye ahu bu onye ezi-okwu, ajọ
omume adigh kwa nime ya. 19 Ọ
bugh Moses nyere unu iwu-unu, ma ọ
digh onye ọ bula nime unu nēme iwu
ahu? Gini mere unu nāchọ uzọ iḅum?
20 Ìgwè madu ahu zara, si, I nwere mọ
ọjọ: ònye nāchọ uzọ iḅu Gi? 21 Jisus
zara, si ha, Otù ọlu ka M'luru, ọ we nēju
unu nile anya. 22 Ọ bu n'ihi nka ka
Moses nyere unu íbì-úgwù (ọ bugh na o
sitere n'aka Moses, kama o sitere n'aka
nna-ayi-hà); n'ubọchi-izu-ike unu nēbì
kwa madu úgwù. 23 Ọ buru na ebì
madu úgwù n'ubọchi-izu-ike, ka ewe
ghara imebi iwu Moses; ùnu nwere
òlùlù ọjọ n'arum, n'ihi na emerem ka aru
dichasia otù madu nma n'ubọchi-izu-
ike? 24 Unu elela iru kpe ikpé, kama
nēkpenu ikpé ziri ezi.

25 Ya mere ufọdu nime ndi
Jerusalem siri, Onye a, Ọ̀ bugh Onye ha
nāchọ uzọ iḅu? 26 Ma le, Ò nēkwuwa
okwu, ma ha agwagh Ya okwu ọ bula.
Ọ̀ gābu na ndi-isi mara n'ezie na Onye
a bu Kraist-ayi? 27 Otú ọ di, ayi
matara Onye a ebe O si puta: ma mḅe
ọ bula Kraist-ayi gābia, ọ digh onye ọ
bula mara ebe O si puta. 28 Ya mere
Jisus tiri nkpu n'ulo uku Chineke, nēzí
ihe, nāsi kwa, Unu mataram, mata kwa
ebe M'si puta; ọ bugh kwa n'Onwem
ka M'biaworo, kama Onye ziterem bu
ezi Onye, Nke unu onwe-unu nāmatagh.
29 Mu onwem matara Ya; n'ihi na esim
n'ebe Ọ nọ bia, Ya onwe-ya zite-kwa-
ram. 30 Ya mere ha chọrọ uzọ ijide
Ya: ọ digh kwa onye ọ bula tukwasiri
Ya aka, n'ihi na oge hour Ya akābiagh.
31 Ma n'etiti ìgwè madu ahu ọtutu
kwere na Ya; ha nāsi kwa, Mḅe ọ bula
Kraist-ayi gābia, Ọ̀ gēme ihe-iriba-ama
kari nke Onye a mere? 32 Ndi-Farisi
nuru ìgwè madu ahu ka ha nātamu
ntamu ndia bayere Ya; ndi-isi-nchu-aja
na ndi-Farisi we ziga ndi nējere ha ozi ka
ha jide Ya. 33 Ya mere Jisus siri, Ọ
fọduru nwa oge Mu na unu gānọ, M'we
lakuru Onye ziterem. 34 Unu gāchọm,
ma unu agagh-achọtam: ebe Mu onwem
nọ kwa, unu onwe-unu apugh ibia.
35 Ya mere ndi-Ju siritara onwe-ha, Òle
ebe Onye a gaje iga na ayi onwe-ayi
agagh-achọta Ya? Ọ̀ gaje igakuru ndi
ḅasara n'etiti ndi-Grik na izí ndi-Grik
ihe? 36 Gini bu okwu a nke O kwuru,
si, Unu gāchọm, ma unu agagh-achọtam:
ebe Mu onwem nọ kwa, unu onwe-
unu apugh ibia?

37 Ma n'ubọchi ikpe-azu, bú oké
ubọchi nke ememe ahu, Jisus guzoro, we
tie nkpu, si, Ọ buru na akpiri kpọrọ

madu ọ bula nku, ya biakutem, ṅua miri.
38 Onye nēkwere na Mu, dika ihe edeworo
n'akwukwọ nsọ kwuru, n'afọ-ya ka
osimiri nke miri di ndu gēsi nērùputa.
39 Ma nka ka O kwuru bayere Mọ Nsọ,
Nke ndi kwere na Ya gaje inara: n'ihi na
akēnyegh Mọ Nsọ; n'ihi na akēnyegh
Jisus otuto. 40 Ya mere ufọdu nime
ìgwè madu ahu, mḇe ha nuru okwu ndia,
ha si, N'ezie Onye a bu onye-amuma
ahu. 41 Ndi ọzọ nāsi, Onye a bu
Kraist-ayi. Ma ufọdu nāsi, Gini, ọ̀
gābu na Galili ka Kraist-ayi si bia?
42 Àkwukwọ nsọ ekwugh na Kraist-ayi
nēsi na nkpuru Devid bia, site kwa na
Betlehem, bú obodo ntà ebe Devid
nọri? 43 Ya mere nkewa putara n'etiti
ìgwè madu ahu n'ihi Ya. 44 Ma ufọdu
nime ha chọrọ ijide Ya; ma ọ digh onye
ọ bula tukwasiri Ya aka.
45 Ya mere ndi ahu ndi nēje ozi
biakutere ndi-isi-nchu-aja na ndi-Farisi;
ndi ahu we si ha, N'ihi gini ka unu
nēkutagh Ya? 46 Ndi ahu ndi nēje ozi
zara, si, Ọ digh mḇe ọ bula madu kwuru
okwu di otú a. 47 Ya mere ndi-Farisi
zara ha, si, Èduhiewo kwa unu onwe-
unu? 48 Ọ̀ di onye ọ bula n'etiti ndi-
isi, ma-ọbu n'etiti ndi-Farisi, kwere na
Ya? 49 Ma ìgwè madu a nke nāmagh
iwu - ayi bu ndi anābu ọnu.
50 Nikọdimọs si ha (onye biakutere Ya
na mbu, ebe ọ bu otù onye nime ha),
51 Ìwu-ayi nēkpe madu ikpé, ọ buru
na o bugh uzọ nu n'ọnu-ya, we mara ihe
ọ nēme? 52 Ha zara, si ya, Gì onwe-gi
si kwa na Galili puta? Nyocha
n'akwukwọ nsọ, le kwa na ọ digh onye-
amuma si na Galili bilie.

53 [Ha nile we la, onye ọ bula n'ulo
8 nke aka ya: 1 ma Jisus gara ugwu
Olive. 2 Ọ we bia kwa ọzọ n'isi-
ututu n'ulo uku Chineke, ndi-Ju nile we
biakute Ya; Ọ we nọdu ala, we nēzí ha
ihe. 3 Ndi-ode-akwukwọ na ndi-
Farisi we kuta otù nwayi nke ejidereri
n'ikwa-iko; mḇe ha guzosiri ya n'etiti,
4 ha we si Ya, Onye-ozizí, ejidewo
nwayi a n'ikwa-iko, mḇe ọ nēme ihe
ahu. 5 Ma n'iwu-ayi Moses nyere ayi
iwu itu ndinyom di otú a nkume: gini
kwa ka Gi onwe-gi nēkwu bayere ya?
6 Ma nka ka ha nēkwu inwa Ya, ka ha
we nwe ihe ha gēji bo Ya ebubo. Ma
Jisus ruru ala, were nkpisi-aka-Ya nēde
ihe n'ala. 7 Ma mḇe ha nọgidere nāju
Ya, Ọ welie Onwe-ya elu, si ha, Onye
akēmehiegh n'etiti unu, ya buru uzọ tu
ya nkume. 8 Ọ we ruru kwa ala ọzọ,
were nkpisi-aka-Ya nēde ihe n'ala.
9 Ma mḇe ha nuru ya ha pua n'otù n'otù,
malite na ndi bu okenye, rue ndi-ikpe-
azu: ewe rapu náni Jisus, Ya na nwayi
ahu, ebe o guzoro, n'etiti. 10 Jisus we
welie Onwe-ya elu, si ya, Nwayi, òle ebe
ha nọ? ọ̀ digh onye ọ bula mara gi ikpé?
11 Ọ we si, Ọ digh onye ọ bula, Onye-
nwe-ayi. Jisus we si, Mu onwem amagh
kwa gi ikpé: ga nke gi; site n'uḇu a adila
nēmehie ọzọ.]

12 Ya mere Jisus gwara ha okwu ọzọ,
si, Mu onwem bu Ìhè nke uwa: onye
nēsom agagh-ejeghari n'ọchichiri, kama
ọ gēnwe Ìhè nke ndu. 13 Ya mere ndi-
Farisi siri Ya, Gi onwe-gi nāḇara Onwe-
gi àmà; àmà nke Gi abugh ezie. 14 Jisus
zara, si ha, Asi kwa na Mu onwem
ḇara Onwem àmà, àmà nkem bu ezie;
n'ihi na amataram ebe M'siri bia, na ebe
M'nāla; ma unu onwe-unu amatagh ebe
M'si bia, ma-ọbu ebe M'nāla. 15 Unu
onwe-unu nēkpe dika anu-aru si di; Mu
onwem ekpegh onye ọ bula. 16 Ma ọ
buru na mu onwem ekpe kwa ikpé,
ikpém bu ezie; n'ihi na ọ bugh náni Mu
nọ, kama ọ bu Mu onwem na Nna Nke
ziterem. 17 Ma edewo kwa n'akwukwọ
iwu-unu, na àmà nke madu abua bu
ezie. 18 Mu onwem bu onye nāḇara
Onwem àmà, Nna Nke ziterem nāḇa-
kwa-ram àmà. 19 Ya mere ha si Ya,
Òle ebe Nna-Gi di? Jisus zara, si, Unu
amataghm, unu amatagh kwa Nnam: ọ
buru na unu mataram, unu gāmata-kwa-
ri Nnam. 20 Okwu ndia ka O kwuru
n'ebe anēdọbe ùtú anātu, mḇe O nēzí
ihe n'ulo uku Chineke: ọ digh kwa onye
ọ bula jidere Ya; n'ihi na oge hour Ya
akābiarugh.
21 Ya mere Ọ siri ha ọzọ, Mu onwem
nāla, unu gāchọkwam, unu gānwu kwa
na nmehie-unu: ebe Mu onwem nāla,
unu onwe-unu apugh ibia. 22 Ya mere
ndi-Ju nāsi, Ọ̀ gēḇu Onwe-ya, na Ọ nāsi,
Ebe Mu onwem nāla, unu onwe-unu
apugh ibia? 23 Ọ we si ha, Unu onwe-

unu si n'ebe di ala puta; Mu onwem si
n'ebe di elu puta: unu onwe-unu si n'uwa
nka puta; Mu onwem esigh n'uwa nka
puta. 24 Ya mere M'siri unu, na unu
gānwu na nmehie nile unu: n'ihi na ọ
buru na unu ekwegh na Mu onwem bu
Ya, unu gānwu na nmehie nile unu.
25 Ya mere ha nāsi Ya, Gì onwe-gi bu
onye? Jisus siri ha, Ọbuná ihe M'nāgwa
kwa unu site na mbu. 26 Enwerem
ọtutu ihe M'gēkwu nke M'gēkpe kwa
bayere unu: ma Onye ziterem bu ezie;
ihe Mu onwem nu-kwa-ra n'ọnu-Ya,
ihe ndia ka M'nāgwa uwa. 27 Ha
amagh na Ọ nāgwa ha okwu bayere
Nna-Ya. 28 Ya mere Jisus siri, Mḇe ọ
bula unu gēweliwori Nwa nke madu elu,
mḇe ahu ka unu gāmara na Mu onwem
bu Ya, na ọ digh kwa ihe M'nēme
n'Onwem, kama dika Nnam zírim, otú a
ka m'nēkwu ihe ndia. 29 Mu na Onye
ziterem nọ kwa; Ọ rapugh náni Mu;
n'ihi na Mu onwem nēme ihe nātọ Ya
utọ mḇe nile. 30 Mḇe O nēkwu okwu
ndia, ọtutu madu kwere na Ya.
31 Ya mere Jisus nāsi ndi-Ju ndi
kwere okwu-Ya-ri, Ọ buru na unu onwe-
unu anọgide n'okwum, unu bu ndi nēso
uzọm n'ezie; 32 unu gāmara kwa ezi-
okwu, ezi-okwu ahu gēme kwa ka unu
pua n'orù. 33 Ha zara Ya, si, Ayi bu
nkpuru Abraham, ọ kādigh kwa mḇe ọ
bula ayi bu orù onye ọ bula: Gì onwe-gi
si aǹa kwu, Agēme ka unu pua n'orù?
34 Jisus zara ha, si, N'ezie, n'ezie, asim
unu, Onye ọ bula nke nēmehie bu orù
nmehie. 35 Ma orù adigh-anọgide
n'ulo rue mḇe ebigh-ebi: nwa nānọgide
ebigh-ebi. 36 Ya mere ọ buru na
Ọkpara gēme ka unu pua n'orù, unu
gābu ndi puworo n'orù n'ezie.
37 Amataram na unu bu nkpuru
Abraham; ma unu nāchọ uzọ iḇum,
n'ihi na okwum enwegh ọnọdu nime
unu. 38 Anamekwu ihe Mu onwem
huworo n'ebe Nnam nọ: ya mere unu
onwe-unu nēme kwa ihe unu nuru n'ọnu
nna-unu. 39 Ha zara, si Ya, Nna-ayi bu
Abraham. Jisus si ha, Ọ buru na unu bu
umu Abraham, unu gālu ọlu Abraham.
40 Ma uḇu a unu nāchọ uzọ iḇum, bú
Madu Nke gwaworo unu ezi-okwu, nke
M'nuru n'ọnu Chineke: nka ka
Abraham nēmegh. 41 Unu onwe-unu
nālu ọlu nna-unu. Ha siri Ya, Amugh
ayi onwe-ayi site n'ikwa-iko; otù Nna
ka ayi nwere, bú Chineke. 42 Jisus siri
ha, Ọ buru na Chineke bu Nna-unu,
unu gāhum n'anya: n'ihi na Mu onwem
siri n'ebe Chineke nọ puta we bia; n'ihi
na abiaghm n'Onwem, kama Ya onwe-
ya ziterem. 43 N'ìhi gini ka unu
nāmagh ihe M'nēkwu? Ọ bu n'ihi na
unu apugh inu okwum. 44 Unu onwe-
unu sitere na nna-unu, bú ekwensu, ọ
bu kwa ihe nāgu nna-unu ka unu nāchọ
ime. Onye ahu bu oḇu-madu site na
mbu, o guzogh kwa n'ezi-okwu, n'ihi na
ezi-okwu adigh nime ya. Mḇe ọ bula o
nēkwu okwu-ugha, o nēkwu ihe si n'ihe
nke aka ya puta: n'ihi na ọ bu onye-
ugha, buru kwa nna-ya. 45 Ma n'ihi na
Mu onwem nēkwu ezi-okwu, unu
ekweghm. 46 Ònye nime unu turum
nmehie n'anya? Ọ buru na M'nēkwu
ezi-okwu, n'ìhi gini ka unu onwe-unu
nēkweghm? 47 Onye sitere na Chineke
nānu okwu Chineke: n'ihi nka ka unu
onwe-unu nānugh ha, n'ihi na unu
esitegh na Chineke. 48 Ndi-Ju zara,
si Ya, Àyi onwe-ayi ekwugh nke-ọma,
si na Gi onwe-Gi bu Onye Sameria,
I nwe-kwa-ra mọ ọjọ? 49 Jisus zara, si,
Mu onwem enwegh mọ ọjọ; kama
anamasọpuru Nnam, unu onwe-unu
nēmekwam ihe-ihere. 50 Ma Mu
onwem achọgh otuto nkem: otù Onye
di Nke nāchọ nēkpe kwa ikpé.
51 N'ezie, n'ezie, asim unu, Ọ buru
na onye ọ bula edebe okwum, ọ gagh-
ahu ọnwu ma-ọli rue mḇe ebigh-ebi.
52 Ndi-Ju siri Ya, Uḇu a ka ayi mara na
I nwere mọ ọjọ. Abraham nwuru, na
ndi-amuma; ma Gi onwe-gi nāsi, Ọ
buru na onye ọ bula edebe okwum, ọ
gagh-edetu ọnwu ire ma-ọli rue mḇe
ebigh-ebi. 53 Ọ gābu na Gi onwe-gi
ka nna-ayi Abraham uku, onye nwuru
anwu? ndi-amuma nwu-kwa-ra: ònye ka
I nēme Onwe-gi? 54 Jisus zara, si, Ọ
buru na Mu onwem enye Onwem otuto,
otuto nkem bu ihe-efu: Nnam bu Onye
nēnyem otuto; Onye unu onwe-unu nāsi,
na Ọ bu Chineke-unu; 55 unu amagh
kwa Ya; ma Mu onwem matara Ya; ọ
buru kwa na agamasi, Amataghm Ya,
M'gēyi unu, buru onye-ugha: ma
amataram Ya, nēdebe kwa okwu-Ya.
56 Obi tọrọ nna-unu Abraham utọ nke-
uku ihu ubọchim; ọ we hu ya, ǹuri kwa

ọṅu. 57 Ya mere ndi-Ju siri Ya, Ì
kāḅagh ọgu arọ abua na iri, Ì huwo kwa
Abraham? 58 Jisus siri ha, N'ezie,
n'ezie, asim unu, Mḅe akāmugh
Abraham Mu onwem di. 59 Ya mere
ha tuturu nkume itu Ya: ma Jisus zobere
Onwe-ya, we si n'ulo uku Chineke pua.

9 1 Mḅe Ọ nāgabiga, Ọ hu otù nwoke
nke kpuru ìsì site n'ọmumu-ya.
2 Ndi nēso uzọ-Ya we jua Ya, si, Rabai,
ònye mehiere, onye a, ma-ọbu ndi muru
ya, nke mere ka amua ya n'ìsì? 3 Jisus
zara, si, Onye a emehiegh, ndi muru ya
emehiegh kwa: kama ka ọlu Chineke we
puta ìhè n'aru ya. 4 Ayi aghagh ilu ọlu
Onye ziterem, mḅe ubọchi fọduru: abali
nābia, mḅe ọ digh onye ọ bula puru ilu
ọlu. 5 Mḅe ọ bula M'nọ n'uwa, abum
Ìhè nke uwa. 6 Mḅe O kwusiri ihe ndia,
Ọ bua ọnu-miri n'ala, were ọnu-miri
ahu gwọ ájá, were ájá ahu te n'anya-
ya abua, 7 si ya, Je sa miri n'ọdọ-
miri ntà nke Sailoam (nke bu, ma
asugharia ya, Onye eziteworo). Ya mere
Ọ jere, sa miri, bia kwa nāhu uzọ. 8 Ya
mere ndi-aḅata-obi-ya, na ndi nāhu ya-ri
n'oge gara aga, na ọ bu onye-aririọ, ha
nāsi, Onye a, ọ̀ bugh onye nānọ ala nāriọ
kwa aririọ? 9 Ndi ọzọ nāsi, Ọ bu ya;
ndi ọzọ nāsi, É-è, kama o yiri ya. Ya
onwe-ya siri, Mu onwem bu ya. 10 Ya
mere ha nāsi ya, Èsi kwa aṅa meghe
anya-gi? 11 Onye ahu zara, si, Nwoke
ahu anākpọ Jisus gwọrọ ájá, te kwa ya
n'anyam abua, sim, Je Sailoam, sa miri:
ya mere ejerem, sa miri, ewe me ka M'hu
uzọ. 12 Ha si ya, Òle ebe Onye ahu nọ?
Ọ si, Amataghm.
13 Ha kutara ndi-Farisi onye ahu nke
kpuru ìsì n'oge gara aga. 14 Ma ọ bu
ubọchi-izu-ike n'ubọchi Jisus gwọrọ ájá,
we meghe anya-ya. 15 Ya mere ndi-
Farisi ju-kwa-ra ya ọzọ otú emere ka ọ
hu uzọ. Ọ si ha, Ọ tukwasiri ájá
n'anyam abua, m'we sa miri, nāhu kwa
uzọ. 16 Ya mere ufọdu n'etiti ndi-
Farisi nāsi, Nwoke a esitegh n'ebe
Chineke nọ, n'ihi na Ọ digh-edebe
ubọchi-izu-ike. Ma ndi ọzọ nāsi,
Nwòke bu onye-nmehie si aṅa pu ime
ihe-iriba-ama di otú a? Nkewa we di
n'etiti ha. 17 Ya mere ha si onye-ìsì
ahu ọzọ, Gini ka gi onwe-gi nēkwu
bayere Ya, n'ihi na Ọ meghere anya-gi?
Ọ si, Ọ bu onye-amuma. 18 Ya mere
ndi-Ju ekwegh okwu bayere ya, na o
kpururi ìsì, na eme-kwa-ra ya ka ọ hu
uzọ, rue mḅe ha kpọrọ ndi muru onye
ahu emere ka ọ hu uzọ, 19 we jua ha, si,
Onye a, ọ̀ bu nwa-unu, onye unu nāsi
na amuru ya n'ìsì? ò si kwa aṅa hu uzọ
uḅu a? 20 Ndi muru ya zara, si, Ayi
matara na onye a bu nwa-ayi, na amu-
kwa-ra ya n'ìsì: 21 ma otú ọ nāhu uzọ
uḅu a, ayi amatagh; ma-ọbu onye
meghere anya-ya, ayi onwe-ayi amatagh:
juanu ya; o ruwo dìnkpà; ya onwe-ya
gēkwuru onwe-ya. 22 Ihe ndia ka ndi
muru ya kwuru, n'ihi na ha nātu egwu
ndi-Ju: n'ihi na ndi-Ju kwekọrọri n'etiti
onwe-ha uḅu a, ka esi n'ulo-nzukọ chupu
onye ọ bula, ma ọ buru na o gēkwuputa
na Ọ bu Kraist. 23 N'ihi nka ndi muru
ya siri, O ruwo dìnkpà; juanu ya. 24 Ya
mere ha kpọrọ onye ahu nke uḅò abua,
bú onye kpururi ìsì, we si ya, Nye
Chineke otuto: ayi onwe-ayi matara na
Nwoke a bu onye-nmehie. 25 Ya mere
onye ahu zara, si, Ma Ọ bu onye-nmehie,
amataghm: otù ihe ka m'matara, na, ebe
m'kpururi ìsì, uḅu a anamahu uzọ.
26 Ya mere ha siri ya, Gini ka Ọ mere
gi? Ò si aṅa meghe anya-gi? 27 Ọ
zara ha, si, Agwaram unu ọbuná uḅu a,
ma unu anugh: gini mere unu nāchọ inu
ya ọzọ? ùnu onwe-unu nāchọ kwa ighọ
ndi nēso uzọ-Ya? 28 Ha we kwutọ ya,
si, Gi onwe-gi bu onye nēso uzọ Onye
ahu; ma ayi onwe-ayi bu ndi nēso uzọ
Moses. 29 Ayi onwe-ayi matara na
Chineke agwawo Moses okwu: ma Onye
a, ayi amatagh ebe O si puta. 30 Nwoke
ahu zara, si ha, Ekwula, n'ihi na ihe-
ebube di na nka, na unu onwe-unu
amatagh ebe O si puta, ma Ọ meghere
anyam. 31 Ayi matara na Chineke
adigh-anu olu ndi-nmehie: kama ọ buru
na onye ọ bula bu onye nēbi isi ala nye
Chineke, nēme kwa ihe Ọ nāchọ, onye
ahu ka Ọ nānu. 32 Site na nmalite oge
a ọ digh mḅe anuru na onye ọ bula
meghere anya onye amuru n'ìsì. 33 Ọ
buru na Onye a esitegh n'ebe Chineke
nọ, Ọ pugh ime ihe ọ bula. 34 Ha zara,
si ya, Amuru nọ̄ gi onwe-gi nime
nmehie, ọ̀ bu gi onwe-gi nēzí kwa ayi
ihe? Ha we chupu ya n'èzí.
35 Jisus nuru na ha chupuru ya-ri
n'èzí; Ọ we chọta ya, si, Gì onwe-gi
kwere n'Ọkpara Chineke? 36 Onye

ahu zara, si, Ọ̀ bu kwa onye, Onye-nwe-
ayi, ka m'we kwere na Ya? 37 Jisus
siri ya, I huwo Ya, Onye gi na Ya
nēkwu okwu bu kwa Onye ahu. 38 Ọ
we si, Onye-nwe-ayi, ekwem. Ọ we kpọ
isi ala nye Ya. 39 Jisus we si, Ọ bu
ikpe ikpé ka Mu onwem ji bia n'uwa
nka, ka ndi nāhugh uzọ we hu; ka
ndi huru uzọ we ghọ kwa ndi-ìsì.
40 Ndi di n'etiti ndi-Farisi ndi ha
na Ya nọ nuru ihe ndia, ha we si Ya,
Àyi onwe-ayi kpu-kwa-ra ìsì? 41 Jisus
siri ha, Ọ buru na unu kpuru ìsì, unu
agagh-enwe nmehie: ma uḅu a unu nāsi,
Ayi nāhu uzọ: nmehie-unu nānọgide.

10 1 N'ezie, n'ezie, asim unu, Onye
nēsitegh n'ọnu-uzọ ba n'ogige
aturu, kama o si n'ebe ọzọ nārigo
ibà, onye ahu bu onye-ori na onye
nāpunara madu ihe. 2 Ma onye si
n'ọnu-uzọ ba bu onye nāzù aturu.
3 Onye ahu ka onye-ọnu-uzọ nēmeghere
uzọ; aturu nānu kwa olu-ya: ọ nākpọ
kwa aturu nke aka ya n'aha, nēdupu kwa
ha. 4 Mḅe ọ bula ọ chupuru aturu nke
aka ya nile, ọ nāga n'iru ha, aturu ahu
nēso kwa ya: n'ihi na ha matara olu-
ya. 5 Ma ha agagh-eso ọbìa ma-ọli,
kama ha gāḅanari ya: n'ihi na ha
amatagh olu ndi-ọbìa. 6 Ilu a ka Jisus
turu ha: ma ha amagh ihe ha bu, bú
okwu Ọ nāgwa ha.

7 Ya mere Jisus siri ha ọzọ, N'ezie,
n'ezie, asim unu, Mu onwem bu ọnu-uzọ
nke aturu. 8 Ka ha ra, bú ndi nile
burum uzọ bia, ha bu ndi-ori na ndi
nāpunara madu ihe: ma aturu ahu
anugh olu-ha. 9 Mu onwem bu ọnu-
uzọ ahu: ọ buru na onye ọ bula esi na
Mu ba, agāzọputa ya, ọ ganābata kwa
nāpu kwa, nāhu kwa nri ọ gāta. 10 Onye-
ori adigh-abia, ma-ọbugh ka ọ we zue
ori, ḅu kwa, la kwa ihe n'iyì: Mu onwem
biara ka ha we nwe ndu, ka ha nwebiga
kwa ya ókè. 11 Mu onwem bu onye-
ọzùzù-aturu ọma: onye-ọzùzù-aturu
ọma nātọḅọ ndu-ya n'ihi aturu-ya.
12 Onye-ọlu egoro ego, nke nābugh kwa
onye-ọzùzù-aturu, onye aturu nābugh
nke aka ya, ọ nāhu agu ka ọ nābia, ọ we
rapu aturu, ḅalaga, agu we nwude ha,
chusa kwa ha: 13 n'ihi na ọ bu onye-
ọlu egoro ego, ọ kpọgh kwa aturu ahu
ihe. 14 Mu onwem bu onye-ọzùzù-
aturu ọma; ama-kwa-ram aturu nkem,
aturu nkem ma-kwa-ram, 15 dika
Nnam maram, dika Mu onwem ma-
kwa-ra Nnam; anamatọḅọ kwa ndum
n'ihi aturum. 16 Aturu ọzọ ka M'nwe-
kwa-ra, ndi nēsitegh n'ogige-aturu nka:
aghaghm iduta kwa ndi ahu, ha gānu
kwa olum; otù ìgwè-aturu gādi kwa, otù
Onye-ọzùzù-aturu. 17 N'ihi nka ka
Nnam nāhum n'anya, n'ihi na Mu
onwem nātọḅọ ndum, ka M'we nara ya
ọzọ. 18 Ọ digh onye ọ bula nānapum
ya, kama Mu onwem nātọḅọ ya
n'Onwem. Enwerem ike itọḅọ ya,
enwe-kwa-ram ike inara ya ọzọ. Ihe a
enyere n'iwu ka M'natara n'aka Nnam.

19 Nkewa putara ọzọ n'etiti ndi-Ju
n'ihi okwu ndia. 20 Ọtutu nime ha we
si, Ọ nwere mọ ọjọ, anya adigh kwa Ya
nma; gini mere unu nānu olu-Ya?
21 Ndi ọzọ nāsi, Ndia abugh okwu onye
mọ ọjọ ji. Mọ̀ ọjọ puru imeghe anya
ndi kpuru ìsì?

22 Ma ememe icheta owuwu ulo uku
Chineke ọhu ruru na Jerusalem: ọ bu
mḅe oyi; 23 Jisus we nējeghari n'ulo
uku Chineke n'ìbà Solomon. 24 Ya
mere ndi-Ju nọgidere Ya buruburu, we
si Ya, Ì nākwuba nkpuru-obi-ayi n'elu
rue ole mḅe? Ọ buru na Gi onwe-gi bu
Kraist-ayi, gwawa ayi. 25 Jisus zara
ha, si, Agwaram unu, ma unu adigh-
ekwe: ọlu nke Mu onwem nālu n'aha
Nnam, ndia nāḅaram àmà. 26 Ma unu
onwe-unu adigh-ekwe, n'ihi na unu
adigh nime aturu nkem. 27 Aturu
nkem nānu olum, Mu onwem ma-kwa-
ra ha, ha nēsokwam: 28 Mu onwem
nēnye kwa ha ndu ebigh-ebi; ha agagh-
ala kwa n'iyì ma-ọli rue mḅe ebigh-ebi,
ọ digh kwa onye ọ bula gānapu ha
n'akam. 29 Nnam, Nke nyeworom ha,
bu Onye uku kachasi ihe nile; ọ digh
kwa onye ọ bula puru inapu ihe n'aka
Nnam. 30 Mu onwem na Nnam bu
otù. 31 Ndi-Ju tuturu nkume ọzọ ka
ha tua Ya. 32 Jisus zara ha, si, Ọtutu
ọlu ọma ka M'gosiri unu site na Nnam;
n'ihi aha ọlu gini nime ndia ka unu
nātum nkume? 33 Ndi-Ju zara Ya, si,
Ọ bugh n'ihi ọlu ọma ka ayi nātu Gi
nkume, kama ọ bu n'ihi nkwulu; n'ihi
kwa na Gi onwe-gi, ebe I bu madu,
I nēme Onwe-gi Chineke. 34 Jisus zara
ha, si, Èdegh ya n'iwu-unu, si, Mu
onwem siri, Chi ka unu bu? 35 Ọ buru

na Ọ kpọrọ ndi ahu chi, ndi okwu
Chineke biaruru (apugh kwa imebi ihe
edere n'akwukwọ nsọ), 36 ùnu onwe-
unu nēkwu okwu bayere Onye ahu
Nnam doro nsọ zite kwa n'uwa, si, I
nēkwulu Chineke; n'ihi na asim, Abum
Ọkpara Chineke? 37 Ọ buru na alughm
ọlu Nnam, unu ekwelam. 38 Ma ọ
buru na aluam ha, ọbuná ma asi na unu
ekwegh Mu onwem, nēkwerenu ọlum:
ka unu we mara nāmagide kwa na Nnam
di nimem, na Mu onwem di kwa nime
Nnam. 39 Ha we chọ kwa uzọ ọzọ ijide
Ya: Ọ we pua n'aka-ha.

40 Ọ we je ọzọ gabiga n'ofè Jọdan
rue ebe Jọn nēme baptism na mbu; Ọ
we nọgide n'ebe ahu. 41 Ọtutu madu
we biakute Ya; ha nāsi kwa, N'ezie
ọ digh ihe-iriba-ama Jọn mere: ma ka ha
ra, bú ihe nile Jọn kwuru bayere Onye
a, bu ezi-okwu 42 Ọtutu madu we
kwere na Ya n'ebe ahu.

11 1 Ma aru otù nwoke adigh ike, bú
Lazarọs onye Betani, onye sitere
n'obodo ntà Meri na Mata nwa-nne-ya
nwayi. 2 Ma ọ bu Meri ahu nke were
manu-otite te Onye-nwe-ayi, were kwa
agiri-isi-ya hicha ukwu-Ya abua, onye
aru nwa-nne-ya nwoke, bú Lazarọs,
nādigh ike. 3 Ya mere umu-nne-ya
nwayi zigara Ya, si, Onye-nwe-ayi, le,
aru nke onye ahu I huru n'anya adigh
ike. 4 Ma mḅe Jisus nuru ya, Ọ si,
Nriaria nka abugh nke ọnwu, kama ọ
bu n'ihi otuto Chineke, ka ewe nye
Ọkpara Chineke otuto site na ya. 5 Ma
Jisus huru Mata, na nwa-nne-ya nwayi,
na Lazarọs, n'anya. 6 Ya mere mḅe
Ọ nuru na aru-ya adigh ike, mḅe ahu
Ọ nọgidere ubọchi abua n'ebe Ọ nọ.
7 Mḅe ahu mḅe nka gasiri Ọ si ndi nēso
uzọ-Ya, Ka ayi je Judia ọzọ. 8 Ndi
nēso uzọ-Ya si Ya, Rabai, uḅu a ka ndi-
Ju nāchọ uzọ itu Gi nkume; Ì nēje kwa
ebe ahu ọzọ? 9 Jisus zara, si, Ọ bugh
oge hour iri na abua di n'ehihie? Ọ
buru na onye ọ bula ejeghari n'ehihie, ọ
digh-asu ngọngọ, n'ihi na ọ nāhu ìhè nke
uwa nka. 10 Ma ọ buru na onye ọ bula
ejeghari n'abali, ọ nāsu ngọngọ, n'ihi na
ìhè adigh nime ya. 11 Ihe ndia ka Ọ
kwuru: mḅe nka gasiri Ọ si ha, Eyi-
ayi Lazarọs adawo n'ura; ma anamaga,
ka M'we kpọte ya n'ura. 12 Ya mere
ndi nēso uzọ-Ya siri Ya, Onye-nwe-ayi,
ọ buru na ọ dawo n'ura, agāzọputa ya.
13 Ma Jisus kwururi okwu bayere ọnwu-
ya: ma ndi ahu chère na O nēkwu okwu
bayere ida n'ura efu. 14 Ya mere Jisus
gwawara ha okwu mḅe ahu, si, Lazarọs
nwuru anwu. 15 Anamańuri kwa ọńu
n'ihi unu na adighm n'ebe ahu, ka unu
we kwere; otú ọ di, ka ayi jekuru ya.
16 Ya mere Tomas, onye anākpọ
Didimọs, siri ibe-ya ndi nēso uzọ Jisus,
Ka ayi onwe-ayi je kwa, ka ayi we so Ya
nwua.

17 Ya mere mḅe Jisus biara, Ọ huru
na ọ diwori n'íli ubọchi anọ uḅu a.
18 Ma Betani di Jerusalem nso, ihe dika
furlong iri na ise n'idi-anya; 19 ma
ọtutu n'etiti ndi-Ju biakutereri Mata na
Meri, ka ha we kasie ha obi n'ihi nwa-
nne-ha. 20 Ya mere mḅe Mata nuru na
Jisus nābia, ọ je zute Ya: ma Meri nānọdu
n'ulo. 21 Ya mere Mata siri Jisus, Onye-
nwe-ayi, ọ buru na I nọri n'ebe a, nwa-
nnem nwoke agagh-anwuwori. 22 Ma
ọbuná uḅu a amataram na, ka ihe I
gāriọ n'aka Chineke ra, Chineke gēnye
Gi. 23 Jisus si ya, Nwa-nne-gi nwoke
gēsi n'ọnwu bilie. 24 Mata si Ya,
Amataram na o gēsi n'ọnwu bilie na
nbilite-n'ọnwu n'ubọchi ikpe-azu.
25 Jisus siri ya, Mu onwem bu nbilite-
n'ọnwu na ndu: onye nēkwere na Mu,
ọbuná ma asi na ọ nwuru anwu, ọ gādi
ndu ọzọ: 26 ọzọ, onye ọ ḅula nke nādi
ndu, nke nēkwere kwa na Mu, ọ gagh-
anwu ma-ọli rue mḅe ebigh-ebi. I
kwere nka? 27 Ọ si Ya, E, Onye-nwe-
ayi: Mu onwem ekwerewo na Gi onwe-
gi bu Kraist-ayi, Ọkpara Chineke, Onye
nābia n'uwa. 28 Mḅe o kwusiri nka, ọ
we je, kpọ Meri nwa-nne-ya nwayi na
nzuzo, si, Onye-ozizí nọ n'ebe a, Ọ
nākpọ kwa gi. 29 Ma nwayi ahu, mḅe
ọ nuru ya, o bilie ọsọsọ, we biakute Ya.
30 (Ma Jisus akābiarugh nime obodo ntà
ahu, kama Ọ nānọ n'ebe Mata zutere
Ya.) 31 Ya mere ndi-Ju ndi ha na ya di
n'ulo, ndi nākasi kwa ya obi, mḅe ha huru
Meri, na o biliri ọsọsọ we pua, ha soro
ya, nēchè na ọ nējeru íli ka ọ we kwa
ákwá n'ebe ahu. 32 Ya mere Meri, mḅe
ọ biara n'ebe Jisus nọ, mḅe ọ huru Ya,
ọ da n'ala n'ukwu-Ya, nāsi Ya, Onye-
nwe-ayi, ọ buru na I nọri n'ebe a, nwa-
nnem nwoke agagh-anwuwori. 33 Ya
mere mḅe Jisus huru ya ka ọ nākwa

ákwá, na ndi-Ju ndi soro ya bia ka ha
nākwa kwa ákwá, Ọ su udè nime mọ-
Ya, me kwa ka obi lọ Ya miri, 34 Ọ
we si, Òle ebe unu tọḅọworo ya? Ha si
Ya, Onye-nwe-ayi, Bia, le kwa. 35 Anya-
miri puru n'anya Jisus. 36 Ya mere
ndi-Ju nāsi, Le otú Ọ huru ya n'anya!
37 Ma ufọdu nime ha siri, Onye a, Nke
meghere anya onye ahu kpuru ìsì, Ọ
pugh ime kwa ka nwoke a ghara inwu
anwu? 38 Ya mere Jisus nābiaru ílì
ahu nāsu udè ọzọ nime Onwe-ya. Ma ọ
bu ọbà, otù nkume nātọḅọ kwa n'ọnu-ya.
39 Jisus si, Wepunu nkume ahu. Mata,
nwa-nne-nwayi nke onye ahu
nwuruwori, si Ya, Onye-nwe-ayi, o nēsì
ísì uḅu a: n'ihi na nka mere ya ubọchi
anọ ọ nwuru. 40 Jisus si ya, Àsighm i
na, ọ buru na i kwere, i gāhu ebube
Chineke? 41 Ya mere ha wepuru
nkume ahu. Ma Jisus weliri anya-Ya
elu, si, Nna, ekelem I na I nuru olum.
42 Ma Mu onwem matara na I nānu
olum mḅe nile: ma n'ihi ìgwè madu a
nke guzoro buruburu ka M'kwuru ya,
ka ha we kwere na ọ bu Gi onwe-gi
ziterem. 43 Ma mḅe O kwusiri ihe
ndia, Ọ were oké olu ti nkpu, si,
Lazarọs, puta n'èzí. 44 Onye nwururi
anwu putara, ewerewori ákwà-ozu ke
ya ukwu na aka; were kwa ichafọ kechie
ya iru. Jisus si ha, Tọpunu ya, ghara
kwa ya ka ọ la.

45 Ya mere ọtutu n'etiti ndi-Ju, ndi
biakutere Meri, ndi le-kwa-ra ihe Ọ
mere, ha kwere na Ya. 46 Ma ufọdu
n'etiti ha jekuru ndi-Farisi, kọrọ ha ihe
Jisus mere.

47 Ya mere ndi-isi-nchu-aja na ndi-
Farisi kpọrọ nnọkọ-ikpé ka ha zukọ, si,
Gini ka ayi nēme? n'ihi na Nwoke a
nēme ọtutu ihe-iriba-ama. 48 Ọ buru
na ayi arapu Ya otú a, madu nile gēkwere
na Ya: ndi Rom gābia kwa napu ebe
nke ayi na mba nke ayi. 49 Ma otù
onye n'etiti ha, bú Kaiafas, ebe ọ bu
onye-isi-nchu-aja n'arọ ahu, si ha, Unu
onwe-unu amatagh ihe ọ bula, 50 unu
atulegh kwa uche na ọ bara unu urù ka
otù onye nwua n'ọnọdu ndi-Ju, ka mba-
ayi dum ghara ila kwa n'iyì. 51 Ma o
kwugh nka site n'onwe-ya: kama ebe
ọ bu onye-isi-nchu-aja n'arọ ahu, o buru
amuma na Jisus gaje inwu anwu n'ọnọdu
mba ahu; 52 ọ bugh kwa nání n'ọnọdu
mba ahu, kama ka Ọ we me kwa ka umu
Chineke ndi ḅasaworo zukọ n'otù.
53 Ya mere site n'ubọchi ahu ha ḅara
ìzù ka ha we ḅue Ya.

54 Ya mere Jisus adigh-ejeghari n'iru
ọra madu n'etiti ndi-Ju ọzọ, kama O si
n'ebe ahu je ba n'ala nke di ọhia nso, ba
n'obodo anākpọ Ifraim; Ọ we nọgide
n'ebe ahu, Ya na ndi nēso uzọ-Ya.
55 Ma ememe ngabiga nke ndi-Ju di
nso: ọtutu madu we si n'ala ndi-Ju
rigoro Jerusalem mḅe ememe ngabiga
ahu akērugh, ime onwe-ha ka ha di ọcha.
56 Ya mere ha nāchọ Jisus, we nēkwurita
n'etiti onwe-ha, mḅe ha guzoro n'ulo
uku Chineke, si, Gini ka unu nēchè? Nà
Ọ gagh-abia n'ememe a ma-ọli? 57 Ma
ndi-isi-nchu-aja na ndi-Farisi nyereri
iwu ka, ọ buru na onye ọ bula mara ebe
Ọ nọ, ka o gosi ya, ka ha we jide Ya.

12 1 Ya mere mḅe ubọchi isi fọduru
ka ememe ngabiga rue, Jisus
biaruru Betani, ebe Lazarọs nọ, onye
Jisus mere ka o si na ndi nwuru anwu
bilie. 2 Ya mere ha siri Ya nri-anyasi
n'ebe ahu: Mata nēje kwa ozi; ma
Lazarọs bu otù onye n'etiti ndi Ya na
ha nọduru na nri. 3 Ya mere Meri were
manu-otite ezi nard, di oké ọnu-ahia nke-
uku, nke ọtùtù-ya ruru otù pound, te
ukwu Jisus abua, were kwa agiri-isi-ya
hicha ukwu-Ya: ísì manu-otite ahu we
juputa ulo ahu. 4 Ma Judas Iskariot,
otù onye nime ndi nēso uzọ-Ya, nke gaje
irara Ya nye, si, 5 N'ìhi gini ka anēregh
manu-otite a ọgu shilling iri na ise, were
ya nye ndi-oḅeye? 6 Ma nka ka o
kwuru, ọ bugh n'ihi na ọ kpọrọ ndi-oḅeye
ihe; kama n'ihi na ọ bu onye-ori, na ebe
o ji àkpà-ego, ọ nēwepu ihe anētiye nime
ya. 7 Ya mere Jisus siri, Rapu nwayi
a ka ọ we debe ya rue ubọchi olilìm.
8 N'ihi na unu nwere ndi-oḅeye n'etiti
unu mḅe nile; ma unu enwegh Mu onwem
mḅe nile.

9 Ya mere ọra madu n'etiti ndi-Ju
mara na Ọ nọ n'ebe ahu: ha we bia,
ọ bugh n'ihi nání Jisus, kama ka ha we le
kwa Lazarọs, onye Ọ mereri ka o si na
ndi nwuru anwu bilie. 10 Ma ndi-isi-
nchu-aja ḅara ìzù ka ha we ḅu kwa
Lazarọs; 11 n'ihi na ọ bu n'ihi ya ka
ọtutu nime ndi-Ju nāpu, nēkwere kwa na
Jisus.

12 N'echi-ya oké ìgwè madu nke

biara ememe ahu, mḅe ha nuru na Jisus
nābia Jerusalem, 13 ha chiri igu nkwu,
pua izute Ya, we nēti nkpu, si, Hosanna:
Onye agọziri agọzi ka Onye ahu bu Nke
nābia n'aha Onye-nwe-ayi, bú Eze nke
Israel. 14 Ma mḅe Jisus chọtasiri otù
nwa-inyinya-ibu, Ọ nọkwasi ya; dika
edeworo ya n'akwukwọ nsọ, si, 15 Atula
egwu, ada Zaion: le, Eze-gi nābia,
nānọkwasi nwa inyinya-ibu. 16 Ihe
ndia ndi nēso uzọ-Ya amagh na mbu:
kama mḅe enyereri Jisus otuto, mḅe
ahu ka ha chetara na edereri ihe ndia
bayere Ya n'akwukwọ nsọ, na ha me-
kwa-ra Ya-ri ihe ndia. 17 Ya mere
ìgwè madu ahu ndi ha na Ya nọ mḅe
O siri n'íli kpọputa Lazarọs, me kwa ka
o si na ndi nwuru anwu bilie, ha nāḅa
àmà. 18 Ọ bu kwa n'ihi nka ka ìgwè
madu ahu puru izute Ya, n'ihi na ha
nuru na Ọ mereri ihe-iriba-ama nka.
19 Ya mere ndi-Farisi siritara onwe-ha,
Lenu na okwu-unu abagh n'ihe: le, uwa
ejesowo Ya n'azu.

20 Ma ndi-Grik ufọdu di n'etiti ndi
nārigo ka ha kpọ isi ala nye Chineke
n'ememe ahu: 21 ya mere madu ndia
biakutere Filip, nke bu onye Betsaida
nke Galili, ha we kpere ya, si, Onye-
nwe-ayi, ayi nāchọ ihu Jisus. 22 Filip
bia gwa Andru: Andru we bia, ya na
Filip, ha we gwa Jisus. 23 Jisus we za
ha, si, Oge hour abiawo, ka ewe nye Nwa
nke madu otuto. 24 N'ezie, n'ezie, asim
unu, Ọ buru na nkpuru ọka adagh n'ala
we nwua, nání ya onwe-ya nānọgide; ma
ọ buru na ọ nwuru, ọ mia ọtutu nkpuru.
25 Onye nāhu ndu-ya n'anya nētufu ya;
onye nākpọ kwa ndu-ya asì n'uwa nka
gēdebe ya rue ndu ebigh-ebi. 26 Ọ buru
na onye ọ bula nējerem ozi, ya som;
ebe Mu onwem nọ kwa, n'ebe ahu ka
onye nējerem ozi gānọ kwa: ọ buru na
onye ọ bula nējerem ozi, ya ka Nnam
gāsọpuru. 27 Uḅu a ka nkpuru-obim
nālọ miri; gini ka M'gēkwu kwa? Nna,
zọputam n'oge hour nka. Ma n'ihi nka
ka M'biaruru oge hour nka. 28 Nna,
nye aha-Gi otuto. Ya mere otù olu
sitere n'elu-igwe da, si, Enyerem ya
otuto, M'gēnye kwa Ya otuto ọzọ.
29 Ya mere ìgwè madu ahu, ndi guzoro
nso, ndi nu-kwa-ra ya, siri na éḅè-elu-
igwe dara: ndi ọzọ siri, Mọ-ozi agwawo
Ya okwu. 30 Jisus zara, si, Ọ bugh
n'ihim ka olu a daworo, kama ọ bu n'ihi
unu. 31 Uḅu a ka ikpé uwa nka di:
uḅu a ka agāchupu onye-isi uwa nka.
32 Mu onwem, ọ buru na eweliem elu
site n'ala, M'gādọrọ kwa madu nile nye
Onwem. 33 Ma nka ka O kwuru,
nēgosi aha ọnwu Ọ gaje inwu. 34 Ya
mere ìgwè madu ahu zara Ya, si, Ayi
onwe-ayi nuru site n'iwu-ayi na Kraist-
ayi nānọgide rue mḅe ebigh-ebi: Gì
onwe-gi si kwa aṅa si, Aghagh iweli Nwa
nke madu elu? Ònye bu Nwa nke madu
a? 35 Ya mere Jisus siri ha, Nwa oge
fọduru ka Ìhè ahu gādi n'etiti unu.
Nējegharinu mḅe unu nēnwe Ìhè ahu,
ka ọchichiri ghara ijide unu: onye
nējeghari n'ọchichiri adigh-amata ebe ọ
nēje. 36 Mḅe unu nēnwe Ìhè ahu,
kwerenu n'Ìhè ahu, ka unu we ghọ umu
Ìhè.

Ihe ndia ka Jisus kwuru, Ọ we je
zonari ha Onwe-ya. 37 Ma ọ bu ezie na
Ọ mereri ọtutu ihe-iriba-ama di otú a
n'iru ha, ma ha ekwegh na Ya: 38 ka
okwu Aisaia onye-amuma we mezu, nke
o kwuru, si,

Onye-nwe-ayi, ònye kwere ihe ayi
nuworo?
Ogwe-aka Onye-nwe-ayi kwa, n'àru
onye ka ekpugheworo ya?

39 N'ihi nka ha apugh ikwere, n'ihi na
Aisaia siri ọzọ,
40 Ọ mewo ka anya-ha kpue ìsì, Ọ me-
kwa-ra ka obi-ha me etili;
Ka ha ghara iwere anya-ha hu uzọ,
ghara kwa iwere obi-ha ghọta,
Ghara kwa ichighari,
Ka M'ghara kwa ime ka aru di ha ike.
41 Ihe ndia ka Aisaia kwuru, n'ihi na
ọ huru ebube-Ya; o kwu-kwa-ra okwu
bayere Ya. 42 Otú ọ di, ọbuná site
n'etiti ndi-isi ọtutu kwere na Ya; ma
n'ihi ndi-Farisi ha ekwuputagh ya, ka
aghara ichupu ha n'ulo-nzukọ: 43 n'ihi
na ha huru otuto madu n'anya kari otuto
Chineke.

44 Jisus we tie nkpu, si, Onye kwere
na Mu, ọ bugh na Mu ka ọ kwere, kama
ọ bu n'Onye ziterem. 45 Onye nāhum
nāhu kwa Onye ziterem. 46 Mu onwem
abiawo n'uwa ibu ìhè, ka onye ọ bula
nke kwere na Mu we ghara inọgide
n'ọchichiri. 47 Ọ buru kwa na onye ọ
bula anu okwum, ghara idebe ha, Mu
onwem agagh-ekpe ya ikpé: n'ihi na

abiaghm ka M'kpe uwa ikpé, kama ka
M'zọputa uwa. 48 Onye nājum, nke
nādigh-anara kwa okwum, ọ nwere onye
nēkpe ya ikpé: okwu nke M'kwuru, okwu
ahu gēkpe ya ikpé n'ubọchi ikpe-azu.
49 N'ihi na Mu onwem ekwugh site
n'Onwem; kama Nna Nke ziterem, Ya
onwe-ya enyewom iwu, ihe M'gēkwu, na
otú M'gēkwu ya. 50 Amata-kwa-ram
na ihe Ọ nyere n'iwu bu ndu ebigh-ebi:
ya mere ihe Mu onwem nēkwu, dika
Nnam gwaworom okwu, otú a ka
M'nēkwu.

13 1 Ma mḅe ememe ngabiga
akērugh, ebe Jisus matara na
oge hour Ya abiawo ka O si n'uwa nka
lakuru Nna-Ya, ebe Ọ huru ndi nke
aka Ya nọ n'uwa n'anya, Ọ huru ha
n'anya rue ọgwugwu ihe. 2 Mḅe ha
nēri nri-anyasi, mḅe ekwensu tiyesiri
uḅu a n'obi Judas Iskariot, nwa
Saimon, ka ọ rara Ya nye, 3 Jisus,
ebe Ọ matara na Nna-Ya nyere Ya-ri
ihe nile n'aka, na O si-kwa-ra n'ebe
Chineke nọ puta, nālakuru kwa
Chineke, 4 O bilie na nri-anyasi, wusa
uwe-Ya, we chiri ákwà anēji hicha aru,
we ke Onwe-ya n'úkwù. 5 Mḅe ahu O
tiye miri n'ihe anēji sa aru, we malite isa
ukwu ndi nēso uzọ-Ya, na iji ákwà anēji
hicha aru nke Ọ kereri n'úkwù hicha
ukwu-ha. 6 Ya mere Ọ biakute Saimon
Pita. Ọ si Ya, Onye-nwe-ayi, Gì onwe-
gi nāsa ukwum? 7 Jisus zara, si Ya,
Ihe Mu onwem nēme, gi onwe-gi
amatagh ya uḅu a; ma i gāmara mḅe ihe
ndia gasiri. 8 Pita si Ya, I gagh-asa
ukwum ma-ọli rue mḅe ebigh-ebi.
Jisus zara ya, si, Ọ buru na asaghm i,
Mu na gi enwegh òkè ọ bula. 9 Saimon
Pita si Ya, Onye-nwe-ayi, ọ bugh nání
ukwum, kama akam abua kwa na isim.
10 Jisus si ya, Onye asaworo aru, nkpà
isa aru ọzọ adirigh ya ma-ọbugh isa
ukwu-ya, kama aru-ya dum di ọcha:
unu onwe-unu di kwa ọcha, ma ọ bugh
unu nile. 11 N'ihi na Ọ matara onye
gaje irara Ya nye; n'ihi nka ka Ọ siri, Ọ
bugh unu nile di ọcha.

12 Ya mere mḅe Ọ sasiri ukwu-ha,
chiri kwa uwe-Ya, nọdu kwa ala ọzọ,
Ọ si ha, Ùnu mara ihe M'meworo unu?
13 Unu onwe-unu nākpọm, Onye-ozizí,
na, Onye-nwe-ayi: unu nēkwu kwa nke-
ọma; n'ihi na ọ bu otú M'di. 14 Ya
mere, ọ buru na Mu onwem, bú Onye-
nwe-unu na Onye-ozizí-unu, sara ukwu-
unu, unu onwe-unu nēji kwa ugwọ
isarita ukwu ibe-unu. 15 N'ihi na
enyewom unu ihe-ñnomi, ka unu onwe-
unu we nēme kwa dika Mu onwem mere
unu. 16 N'ezie, n'ezie, asim unu, Orù
adigh-aka onye-nwe-ya uku; onye-ozi
adigh-aka kwa onye zitere ya uku. 17 Ọ
buru na unu matara ihe ndia, ngọzi
nādiri unu ma asi na unu nēme ha.
18 Ekwughm okwu bayere unu nile:
Mu onwem matara ndi M'rọputara:
kama ọ bu ka emezu ihe edeworo
n'akwukwọ nsọ, Onye nēri nrim buliri
ikiri-ukwu-ya imegidem. 19 Site n'uḅu
a anamagwa unu mḅe o kērugh, ka unu
we kwere na Mu onwem bu Ya mḅe ọ
bula o gēru. 20 N'ezie, n'ezie, asim
unu, Onye nānara onye ọ bula M'gēzite,
Mu ka ọ nānara; onye nānaram nānara
kwa Onye ziterem.

21 Mḅe Jisus kwusiri okwu ndia, obi
lọrọ Ya miri nime mọ-Ya, Ọ we ḅa àmà,
si, N'ezie, n'ezie, asim unu, na otù onye
n'etiti unu gāraram nye. 22 Ndi nēso
uzọ-Ya nēlerita onwe-ha anya, nēnwe
obi abua onye O nēkwu okwu bayere ya.
23 Otù onye n'etiti ndi nēso uzọ-Ya
nānọdu na nri nādabere n'obi Jisus, onye
Jisus huru n'anya. 24 Ya mere Saimon
Pita fere onye ahu isi, we si ya, Gwa ayi
onye O nēkwu okwu bayere ya. 25 Onye
ahu dabere, otú ọ di, n'obi Jisus, we si
Ya, Onye-nwe-ayi, ònye ka ọ bu? 26 Ya
mere Jisus za, si, Ọ bu onye ahu, nke Mu
onwem gēsuru iberibe achicha n'ofé, nye
ya. Ya mere, mḅe O susiri iberibe
achicha ahu, Ọ were ya nye Judas, nwa
Saimon Iskariot. 27 Mḅe enyesiri ya
iberibe achicha ahu, mḅe ahu Setan
batara nime onye ahu. Ya mere Jisus si
ya, Ihe i nēme, me ya ọsọsọ. 28 Ma ọ
digh onye ọ bula nime ndi nọduru na
nri mara ihe O ji gwa ya okwu a. 29 N'ihi
na ufọdu nēchè, ebe Judas ji àkpà-ego,
na Jisus siri ya, Zuta ihe di ayi nkpà
n'ememe; ma-ọbu, ka ọ nye ndi-oḅeye
ihe. 30 Ya mere mḅe ọ narasiri iberibe
achicha ahu ọ pua ngwa ngwa: ma ọ bu
abali.

31 Ya mere mḅe ọ pururi, Jisus si,
Uḅu a ka enyere Nwa nke madu otuto,
enye-kwa-ra Chineke otuto nime Ya;
32 Chineke gēnye kwa Ya otuto nime

Onwe-ya, ngwa ngwa ka Ọ gēnye kwa
Ya otuto. 33 Umu-ntakiri, ọ fọduru
nwa oge Mu na unu gānọ. Unu gāchọm:
dika M'gwa-kwa-ra ndi-Ju, si, Ebe Mu
onwem nāla, unu onwe-unu apugh ibia;
otú ahu ka M'nāsi unu ubu a. 34 Iwu
ọhu ka M'nēnye unu, ka unu hurita ibe-
unu n'anya; dika M'huru unu n'anya,
ka unu onwe-unu hurita kwa ibe-unu
n'anya. 35 Madu nile gēji nka mara na
unu bu ndi nēso uzọm, ọ buru na unu
enwerita ihu-n'anya n'ebe ibe-unu nọ.

36 Saimon Pita si Ya, Onye-nwe-ayi,
Òle ebe I nāla? Jisus zara, si, Ebe
M'nāla, i pugh isom ubu a; ma i gēsom
ma emesia. 37 Pita si Ya, Onye-nwe-
ayi, n'ìhi gini ka m'nāpugh iso Gi ọbuná
ubu a? m'gātọbọ ndum n'ihi Gi.
38 Jisus zara, si, Ì gātọbọ ndu-gi n'ìhim?
N'ezie, n'ezie, asim i, Oke-ọkuku agagh-
akwa, rue mbe i gāgọnarim ubò atọ.

14 1 Ka obi-unu ghara ilọ miri:
kwerenu na Chineke, kwere-kwa-
nu na Mu. 2 N'ulo Nnam ọtutu ebe-
obibi di; ọ buru na ọ bugh otú a,
M'gāgwawori unu; n'ihi na anamaga
idoziri unu ebe. 3 Ọ buru kwa na Mu
aga idoziri unu ebe, agajem ibia ọzọ,
M'gānara kwa unu nye Onwem; ka
unu onwe-unu we nọ kwa ebe Mu
onwem nọ. 4 Ebe Mu onwem nāla,
unu mata-kwa-ra uzọ-ya. 5 Tomas si
Ya, Onye-nwe-ayi, ayi amatagh ebe I
nāla; àyi si aṅa mata uzọ-ya? 6 Jisus
si ya, Mu onwem bu uzọ, na ezi-okwu,
na ndu: ọ digh onye ọ bula nābiakute
Nnam, ma-ọbugh site na Mu. 7 Ọ
buru na unu maramri, unu gāmatawo-
kwa-ri Nnam: site n'ubu a unu mara
Ya, unu ahuwo kwa Ya. 8 Filip si Ya,
Onye-nwe-ayi, gosi ayi Nna ahu, o
gēzu-kwa-ra ayi. 9 Jisus si ya, Ogologo
oge di otú a ka Mu na gi nọ, ma ì
mataghm, Filip? onye huworom anya
ahuwo Nnam anya; gì onwe-gi si aṅa si,
Gosi ayi Nna ahu? 10 Ì kwegh na Mu
onwem nọ nime Nnam, Nnam nọ kwa
nimem? okwu Mu onwem nāgwa unu
ekwughm n'Onwem: ma Nnam Nke
nēbi nimem nālu ọlu-Ya. 11 Kwerenum
na Mu onwem nọ nime Nnam, Nnam nọ
kwa nimem: ma ọ bugh, kwerenum n'ihi
ọlum onwe-ha. 12 N'ezie, n'ezie, asim
unu, Onye nēkwere na Mu, ọlu Mu
onwem nālu ka onye ahu gālu kwa; ọlu
ka ndia uku ka ọ gālu kwa; n'ihi na Mu
onwem nāgakuru Nnam. 13 Ihe ọ bula
unu gāriọ kwa n'aham, ihe ahu ka
M'gēme, ka ewe nye Nnam otuto nime
Ọkpara-Ya. 14 Ọ buru na unu gāriọm
ihe ọ bula n'aham, nke ahu ka M'gēme.
15 Ọ buru na unu nāhum n'anya, unu
gēdebe ihe nile M'nyere n'iwu. 16 Mu
onwem gēkpe-kwa-ra Nnam, Ọ gēnye
kwa unu Onye-nkasi-obi ọzọ, ka Ọ
nọyere unu rue mbe ebigh-ebi, 17 bú
Mọ nke ezi-okwu: Onye uwa nāpugh
inara; n'ihi na ọ digh-ahu ya, ọ digh-
ama kwa Ya: unu onwe-unu mara Ya;
n'ihi na Ya na unu nānọgide, Ọ gānọ
kwa nime unu. 18 M'gagh-arapu unu
ka umu-nbei: agajem ibiakute unu.
19 Ọ fọduru nwa oge, uwa ahukwaghm
ọzọ; ma unu onwe-unu nāhum: unu
onwe-unu gādi kwa ndu, n'ihi na Mu
onwem nādi ndu. 20 N'ubọchi ahu unu
onwe-unu gāmara na Mu onwem nọ
nime Nnam, na unu onwe-unu nọ kwa
nimem, na Mu onwem nọ kwa nime
unu. 21 Onye nwere ihe M'nyere
n'iwu, nke nēdebe kwa ha, ọ bu onye
ahu nāhum n'anya: onye nāhum n'anya,
Nnam gāhu kwa ya n'anya, Mu onwem
gāhu kwa ya n'anya, were kwa Onwem
gosi ya. 22 Judas (ọ bugh Iskariot) si
Ya, Onye-nwe-ayi, Gini putaworo na I
gaje iwere Onwe-gi gosi ayi, ma ọ bugh
uwa? 23 Jisus zara, si ya, Ọ buru na
madu ahum n'anya, ọ gēdebe okwum:
Nnam gāhu kwa ya n'anya, Ayi gābiakute
kwa ya, nēme kwa ebe-obibi-Ayi n'ebe ọ
nọ. 24 Onye nādigh-ahum n'anya
adigh-edebe okwum nile: okwu nke unu
nānu abugh kwa nkem, kama ọ bu nke
Nna Onye ziterem.

25 Okwu ndia ka M'gwaworo unu,
mbe Mu na unu nānọgide. 26 Ma
Onye-nkasi-obi ahu, bú Mọ Nsọ, Onye
Nnam gēzite n'aham, Onye ahu gēzí unu
ihe nile, me kwa ka unu cheta okwu nile
Mu onwem gwara unu. 27 Udo ka
M'rapuru unu; udo nkem ka M'nēnye
unu: ọ bugh dika uwa nēnye ka Mu
onwem nēnye unu. Ka obi-unu ghara
ilọ miri, ka ọ ghara kwa itu ujọ. 28 Unu
nuru na Mu onwem siri unu, Anamala,
biakute kwa unu. Ọ buru na unu hurum
n'anya, unu gāṅuwori ọṅu, n'ihi na
anamagakuru Nnam: n'ihi na Nnam
ka Mu onwem uku. 29 Ubu a

agwawokwam unu mḇe o kērugh, ka
unu we kwere mḇe ọ bula o gēru.
30 Ọ digh ọtutu okwu Mu na unu
gēkwu ọzọ site n'uḇu a, n'ihi na onye-
isi nke uwa nka nābia: ọ digh kwa ihe ọ
bula ọ nwere nimem; 31 ma ka uwa we
mara na anamahu Nnam n'anya, ka ọ
mara kwa na dika Nnam nyerem iwu,
otú ahu ka M'nēme. Bilienu, ka ayi si
n'ebe a pua.

15 1 Mu onwem bu ezi osisi vine,
Nnam bu kwa onye-ọlu-ubi.
2 Alaka ọ bula nimem nke nādigh-ami
nkpuru, Ọ wepu ya: alaka ọ bula nke
nāmi nkpuru, Ọ nēme kwa ya ka ọ di
ọcha, ka ọ we mia nkpuru kari. 3 Uḇu
a unu onwe-unu di ọcha n'ihi okwu nke
M'gwaworo unu. 4 Nọgidenu nimem,
Mu onwem kwa nime unu. Dika alaka
nāpugh imi nkpuru n'onwe-ya, ọ buru
na ọ nọgidegh n'osisi vine; otú a ka
unu onwe-unu nāpugh, ọ buru na unu
anọgidegh nimem. 5 Mu onwem bu
osisi vine ahu, unu onwe-unu bu alaka
nkem: Onye nānọgide nimem, Mu
onwem kwa nime ya, onye ahu nāmi
nkpuru ri nne: n'ihi na unu apugh ime
ihe ọ bula ma Mu anọgh ya. 6 Ọ buru
na onye ọ bula anọgidegh nimem, atupu
ya n'èzí dika alaka, ọ kpọnwu kwa; ha we
chikọta ha, tubà ha n'ọku, ewe rechapu
ha ọku. 7 Ọ buru na unu nānọgide
nimem, ọ buru kwa na okwum nānọgide
nime unu, riọnu ihe o bula unu nāchọ,
agēme-kwa-ra unu ya. 8 Nime nka ka
anēnye Nnam otuto, ka unu nāmi
nkpuru ri nne; unu gābu kwa ndi nēso
uzọm. 9 Dika Nnam hurum n'anya,
Mu onwem hu-kwa-ra unu n'anya:
nọgidenu nime ihu-n'anyam. 10 Ọ
buru na unu edebe ihe nile M'nyere
n'iwu, unu gānọgide n'ihu-n'anyam;
dika Mu onwem debeworo ihe nile
Nnam nyere n'iwu, nọgide kwa n'ihu-
n'anya-Ya. 11 Ihe ndia ka M'gwaworo
unu, ka ọñùm we di nime unu, ka ọñù-
unu we zu kwa. 12 Nka bu ihe M'nyere
n'iwu, ka unu hurita ibe-unu n'anya,
dika M'huru unu n'anya. 13 Ọ digh
onye ọ bula nwere ihu-n'anya kari nka
uku, ka madu tọḇọ ndu-ya n'ihi ndi-eyì-
ya. 14 Unu onwe-unu bu ndi-eyìm,
ma ọ buru na unu eme ihe Mu onwem
nēnye unu n'iwu. 15 Akpọkwaghm unu
ndi-orù ọzọ site n'uḇu a; n'ihi na orù
adigh-amara ihe onye-nwe-ya nēme:
ma akpọwom unu ndi-eyì; n'ihi na ihe
nile M'nuru site n'ọnu Nnam ka M'mere
ka unu mara. 16 Ọ bugh unu onwe-
unu rọputaram, kama ọ bu Mu onwem
rọputara unu, weputa kwa unu iche,
ka unu onwe-unu we je mia nkpuru,
ka nkpuru-unu we nọgide kwa: ka ihe
ọ bula unu gāriọ Nnam n'aham, ka Ọ we
nye unu ya. 17 Ihe ndia ka M'nēnye
unu n'iwu, ka unu we hurita ibe-unu
n'anya. 18 Ọ buru na uwa akpọ unu
asì, unu mara na ọ kpọwo Mu onwem asì
mḇe ọ kākpọgh unu asì. 19 Ọ buru na
unu sitere n'uwa, uwa gāhu ihe nke aka
ya n'anya: ma n'ihi na unu esitegh
n'uwa, kama Mu onwem rọputara unu
nime uwa, n'ihi nka uwa nākpọ unu asì.
20 Chetanu okwu Mu onwem gwara
unu, Orù adigh-aka onye-nwe-ya uku.
Ọ buru na ha soḇurum, ha gēsọḇu kwa
unu; ọ buru na ha debere okwum, ha
gēdebe kwa nke unu. 21 Ma ihe ndia
nile ka ha gēme unu n'ihi aham, n'ihi na
ha amatagh Onye ziterem. 22 Ọ buru
na abiaghm, ọ buru kwa na agwaghm ha
okwu, ha agagh-enwewori nmehie: ma
uḇu a ha enwegh ihe-agugọ bayere
nmehie-ha. 23 Onye nākpọm asì nākpọ
kwa Nnam asì. 24 Ọ buru na alughm
ọlu n'etiti ha nke onye ọzọ nālugh, ha
agagh-enwewori nmehie: ma uḇu a ha
ahuwo kpọ kwa Mu na Nnam asì.
25 Ma nka mere, ka okwu edeworo
n'iwu-ha we mezu, Ha kpọrọm asì
n'efu. 26 Ma mḇe ọ bula Onye-nkasi-
obi ahu gābia, Onye Mu onwem gēsi
n'ebe Nnam nọ zitere unu, bú Mọ nke
ezi-okwu, Onye si na Nnam puta, Onye
ahu gāḇaram àmà: 27 unu onwe-unu
nāḇa kwa àmà, n'ihi na Mu na unu nọ
site na mbu.

16 1 Okwu ndia ka M'gwaworo unu,
ka ewe ghara ime ka unu ma
n'ọnyà. 2 Ha gāchupu unu nime ulo-
nzukọ: e, oge hour nābia, ka ọ gābu na
onye ọ bula nke gēḇu unu gēchè na ọ
nējere Chineke ozi. 3 Ihe ndia ka ha
gēme kwa, n'ihi na ha amagh Nnam, ha
amagh kwa Mu. 4 Ma okwu ndia ka
M'gwaworo unu, ka, mḇe ọ bula oge
hour ha gābia, ka unu we cheta ha, na
Mu onwem gwara unu. Ma agwaghm
unu okwu ndia site na mbu, n'ihi na Mu
na unu nọri. 5 Ma uḇu a anamalakuru

Onye ziterem; ọ digh kwa onye ọ bula
nime unu nājum, Ole ebe I nāla?
6 Kama n'ihi na M'gwawo unu okwu
ndia, ihe-nwuta ejuputawo obi-unu.
7 Otú ọ di, Mu onwem nāgwa unu ezi-
okwu; Ọ bu ihe bara unu urù ka Mu
onwem la: n'ihi na asi na alaghm,
Onye-nkasi-obi ahu agagh-abiakute unu;
ma ọ buru na alam, M'gēzite Ya nye
unu. 8 Onye ahu, mḇe Ọ gābia, Ọ gātu
kwa uwa nmehie, na ezi omume, na
ikpé, n'anya: 9 nmehie, n'ihi na ha
ekwegh na Mu; 10 ezi omume, n'ihi
na anamalakuru Nnam, unu adigh-ahu-
kwam ọzọ site n'uḇu a; 11 ikpé, n'ihi
na ekpewo onye-isi uwa nka ikpé.
12 Enwerem ọtutu ihe ọzọ igwa unu,
ma unu apugh ibūru ha uḇu a. 13 Ma
mḇe ọ bula Onye ahu gābia, bú Mọ
nke ezi-okwu, O gēdubà unu n'ezi-okwu
nile: n'ihi na Ọ gagh-ekwu n'Onwe-ya;
kama ka ihe Ọ nānu ra, ihe ndia ka
O gēkwu: Ọ gākọ-kwa-ra unu ihe nile
nke nābia. 14 Onye ahu gēto Mu
onwem: n'ihi na Ọ gēwere n'ihe nkem,
kọ-kwa-ra unu ya. 15 Ka ha ra, bú ihe
nile Nnam nēnwe, bu nkem: n'ihi nka
ka M'siri, na Ọ nēwere n'ihe nkem,
gākọ-kwa-ra unu ya. 16 Ọ fọduru nwa
oge, unu adigh-ahukwam ọzọ; ọzọ kwa,
ọ fọduru nwa oge, unu gāhukwam.
17 Ya mere ufọdu nime ndi nēso uzọ-
Ya siritara ibe-ha, Gini bu okwu a nke
Ọ nāgwa ayi, si, Ọ fọduru nwa oge, unu
adigh-ahukwam ọzọ; ọzọ kwa, ọ fọduru
nwa oge, unu gāhukwam: na, N'ihi na
anamalakuru Nnam? 18 Ya mere ha
nāsi, Gini bu okwu a nke O nēkwu, Ọ
fọduru nwa oge? Ayi amatagh ihe O
nēkwu. 19 Jisus mara na ha nāchọ iju
Ya, Ọ we si ha, Unu nājurita onwe-unu
ihe bayere nka, na M'siri, Ọ fọduru nwa
oge, unu adigh-ahukwam ọzọ; ọzọ kwa,
ọ fọduru nwa oge, unu gāhukwam?
20 N'ezie, n'ezie, asim unu, na unu
onwe-unu gēti nkpu ákwá, kwa kwa
ákwá, ma uwa gāṅuri ọṅu: o gēwuta unu
onwe-unu, ma nwuta-unu gāghọ ọṅù.
21 Nwayi, mḇe ọ bula ime nēme ya, ọ
nwere ihe-nwuta, n'ihi na oge hour ya
abiawo: ma mḇe ọ bula ọ muputara nwa,
ọ chetagh ahuhu-ya ọzọ, n'ihi ọṅù-ya na
amuputara madu n'uwa. 22 Ya mere
unu onwe-unu nēnwe kwa ihe-nwuta
uḇu a: ma M'gāhu unu ọzọ, obi-unu
gāṅuri kwa ọṅu, ọ digh kwa onye ọ bula
gānara unu ọṅù-unu. 23 N'ubọchi ahu
ọ digh ihe ọ bula unu gājum. N'ezie,
n'ezie, asim unu, Ọ buru na unu gāriọ
Nnam ihe ọ bula, Ọ gēnye unu ya
n'aham. 24 Rue uḇu a unu akāriọgh
ihe ọ bula n'aham: riọnu, unu gāriọta
kwa, ka ọṅù-unu we zue.

25 Agwawom unu ihe ndia n'ilu: oge
hour nābia, mḇe M'nāgagh-agwa unu
okwu n'ilu ọzọ, kama M'gāgwawa unu
okwu bayere Nnam. 26 N'ubọchi ahu
unu gāriọ n'aham: ma asighm unu, na
Mu onwem gēkpere Nnam n'ihi unu;
27 n'ihi na Nnam onwe-ya nāhu unu
n'anya, n'ihi na unu onwe-unu huworom
n'anya, kwere kwa na Mu onwem siri
n'ebe Nnam nọ puta. 28 Esirim na
Nnam puta, abiawokwam n'uwa: ọzọ,
anamarapu uwa, nāgakuru kwa Nnam.
29 Ndi nēso uzọ-Ya si, Le, uḇu a I
nēkwuwa okwu, I digh-atu kwa ilu.
30 Uḇu a ayi nāmata na I matara ihe
nile, na ọ digh kwa Gi nkpà ka onye ọ
bula jua Gi: nka ka ayi ji kwere na I siri
n'ebe Chineke nọ puta. 31 Jisus zara
ha, si, Ọ bu uḇu a ka unu kwere? 32 Le,
oge hour nābia, ọ biawo kwa, ka unu
gāḇasa, onye ọ bula ọ la na nke ya, unu
gārapu kwa nání Mu: otú ọ di, nání Mu
anọgh, n'ihi na Mu na Nnam nọ.
33 Okwu ndia ka M'gwaworo unu, ka
unu we nwe udo nimem. N'uwa unu
nēnwe nkpaḇu: ma nwenu obi-ike; Mu
onwem emeriwo uwa.

17 1 Okwu ndia ka Jisus kwuru; Ọ
we welie anya-Ya le elu-igwe, si,
Nna, oge hour abiawo; nye Ọkpara-Gi
ototo, ka Ọkpara-Gi we nye Gi ototo:
2 dika I nyere Ya ike n'ebe madu nile
nọ, ka ihe ọ bula I nyeworo Ya, ka Ọ we
nye ha ndu ebigh-ebi. 3 Ma nka bu
ndu ebigh-ebi ahu, ka ha mara Gi, Nke
nání Gi bu ezi Chineke, mara kwa Onye
I zitere, bú Jisus Kraist. 4 Mu onwem
nyere Gi ototo n'elu uwa, ebe M'luzuru
ọlu I nyeworom ka M'lua. 5 Nna, Gi
onwe-gi were kwa ototo nke M'nwere
n'ebe I nọ mḇe uwa akādigh nyem
ototo uḇu a nēbe Gi onwe-Gi nọ.
6 Emerem ka aha-Gi puta ìhè nye ndi I
nyerem site 'uwa: Gi onwe-gi nwere
ha, I were kwa ha nyem; ha edebewo
kwa okwu-Gi. 7 Ha mara uḇu a na ihe
nile, ka ha ra, bú nke I nyeworom, si

n'ebe I nọ puta: 8 n'ihi na okwu I
nyerem ka M'nyeworo ha; ha onwe-ha
we nara ha, mara kwa n'ezie na esim
n'ebe I nọ puta, ha kwere kwa na Gi
onwe-gi ziterem. 9 Mu onwem nēkpe
ekpere bayere ha: ọ bugh uwa ka
M'nēkpe ekpere bayere ya, kama
anamekpe ekpere bayere ndi I
nyeworom; n'ihi na ha bu nke Gi:
10 ihe nile nke bu nkem bu kwa nke Gi,
nke Gi bu kwa nkem: enyewokwam
otuto nime ha. 11 Anọkwaghm n'uwa
ọzọ, ma ndia nọ n'uwa, Mu onwem
nābiakute kwa Gi. Nna di nsọ,
nēdebe ha n'aha-Gi nke I nyeworom,
ka ha we buru otù, dika Ayi onwe-ayi
bu. 12 Mḅe Mu na ha nọri, Mu
onwem nēdebe ha n'aha-Gi nke I
nyeworom: eche-kwa-ram ha, ọ digh
kwa onye ọ bula nime ha lara n'iyì, ma-
ọbugh nwa nke ila-n'iyì ahu; ka ihe
edeworo n'akwukwọ nsọ we mezu.
13 Ma anamabiakute Gi uḅu a; okwu
ndia ka M'nēkwu kwa n'uwa, ka ha we
nwe ọṅùm ka o zuworo nime onwe-ha.
14 Mu onwem enyewo ha okwu-Gi;
uwa kpọ-kwa-ra ha asì, n'ihi na ha
esitegh n'uwa, dika Mu onwem nēsitegh
n'uwa. 15 Ekpeghm ekpere ka I wepu
ha n'uwa, kama ka I debe ha ka ha pua
n'aka ajọ onye ahu. 16 Ha esitegh
n'uwa, dika Mu onwem nēsitegh n'uwa.
17 Were ezi-okwu do ha nsọ: okwu-Gi
bu ezi-okwu. 18 Dika I zigaram nime
uwa, Mu onwem ziga-kwa-ra ha nime
uwa. 19 N'ihi ha ka Mu onwem nēdo
kwa Onwem nsọ, ka ewe do kwa ha
onwe-ha nsọ n'ezi-okwu. 20 Ọ bugh
kwa nání ndia ka M'nēkpe ekpere bayere
ha, kama anamekpe kwa ekpere bayere
ndi kwere na Mu site n'okwu-ha;
21 ka ha nile we buru otù; dika Gi
onwe-gi di nimem, dika Mu onwem di
kwa nime Gi, Nna, ka ha onwe-ha we
di kwa nime Ayi: ka uwa we kwere na
Gi onwe-gi ziterem. 22 Otuto nke I
nyeworom ka Mu onwem nyewo-kwa-
ra ha; ka ha we buru otù, dika Ayi
onwe-ayi bu otù; 23 Mu onwem nime
ha, Gi onwe-gi kwa nimem, ka ewe me
ka ha buru ndi zuworo okè ibu otù; ka
uwa we mara na Gi onwe-gi ziterem,
na I hu-kwa-ra ha n'anya, dika I hurum
n'anya. 24 Nna, ihe I nyeworom,
anamachọ ka, ebe Mu onwem nọ, ka Mu
na ndi ahu nọ kwa; ka ha we hu otutom,
nke I nyeworom: n'ihi na I hurum
n'anya mḅe akātọgh ntọ-ala uwa.
25 Nna Nke bu Onye ezi omume, uwa
amagh Gi, ma Mu onwem mara Gi;
ndia ma-kwa-ra na Gi onwe-gi ziterem;
26 eme-kwa-ram ka ha mara aha-Gi,
M'gēme kwa ka ha mara ya; ka ihu-
n'anya I ji hum we di nime ha, Mu
onwem kwa nime ha.

18 1 Mḅe Jisus kwusiri okwu ndia,
Ọ pua, Ya na ndi nēso uzọ-Ya,
gabiga n'ofè iyi Kedron, ebe ubi aḅara
ogige di, nke Ọ bàra nime ya, Ya onwe-
ya na ndi nēso uzọ-Ya. 2 Ma Judas,
onye nārara Ya nye, mata-kwa-ra ebe
ahu: n'ihi na Jisus na ndi nēso uzọ-Ya
zukọrọ n'ebe ahu ọtutu oge. 3 Ya mere
Judas, ebe ọ natara òtù ndi-agha, na ndi
nēje ozi site n'aka ndi-isi-nchu-aja na
ndi-Farisi, ọ chiri oriọna na ọwa na ihe-
agha bia n'ebe ahu. 4 Ya mere Jisus,
ebe Ọ matara ihe nile nābiakwasi Ya, Ọ
pua, si ha, Ònye ka unu nāchọ? 5 Ha zara
Ya, si, Jisus Onye Nazaret. Jisus siri
ha, Mu onwem bu Ya. Ma Judas, onye
nārara Ya nye, nēguzo kwa n'etiti ha.
6 Ya mere mḅe Ọ siri ha, Mu onwem
bu Ya, ha la azu, we da n'ala. 7 Ya
mere Ọ juru ha ọzọ, si, Ònye ka unu
nāchọ? Ha si, Jisus Onye Nazaret.
8 Jisus zara, si, Agwaram unu na Mu
onwem bu Ya: ya mere ọ buru na unu
nāchọm, ka ndia la: 9 ka okwu O
kwuru we mezu, si, N'etiti ndi I
nyeworom ọ digh onye ọ bula M'tufuru.
10 Ya mere Saimon Pita, ebe o ji mma-
agha, ọ miputa ya, ḅue orù onye-isi-
nchu-aja mma, bipu nti aka-nri ya. Ma
aha orù ahu bu Malkọs. 11 Ya mere
Jisus siri Pita, Miye mma-agha-gi n'ọbọ-
ya: iko nke Nnam nyeworom, M'gagh-
aṅu ya?

12 Ya mere òtù ndi-agha ahu na
ọchi-agha, na ndi nējere ndi-Ju ozi,
jidere Jisus ke kwa Ya aḅu, 13 we
buru uzọ duru Ya jekuru Anas; n'ihi na
ya bu nna nwunye Kaiafas, onye bu
onye-isi-nchu-aja arọ ahu. 14 Ma
Kaiafas bu onye ahu nke dururi ndi-Ju
ọdú, na ọ bara urù ka otù onye nwua
n'ọnọdu ndi-Ju.

15 Saimon Pita we so Jisus, ya na
onye ọzọ nke nēso uzọ Jisus. Ma onye

ahu nke nēso uzọ Jisus bu onye onye-isi-
nchu-aja mara, ọ we so Jisus ba n'obí
onye-isi-nchu-aja; 16 ma Pita nēguzo
n'èzí n'ọnu-uzọ. Ya mere onye ọzọ ahu
nke nēso uzọ Jisus, onye onye-isi-nchu-
aja mara, we pua gwa nwayi nke nēche
ọnu-uzọ okwu, we dubata Pita. 17 Ya
mere nwa-aḇọghọ ahu nke nēche ọnu-
uzọ si Pita, Ọ gābu na gi onwe-gi bu kwa
otù onye n'etiti ndi nēso uzọ Nwoke a?
Pita si, Abughm. 18 Ma ndi-orù na ndi
nēje ozi guzoro n'ebe ahu, ebe ha
funwusiri ọku icheku; n'ihi na oyi nātu;
ha nānya kwa ọku: Pita nọ kwa n'etiti
ha, nēguzo nānya kwa ọku.
19 Ya mere onye-isi-nchu-aja juru
Jisus ajuju bayere ndi nēso uzọ-Ya, na
ajuju bayere ozizí-Ya. 20 Jisus zara
ya, si, Mu onwem agwawawo uwa okwu;
Mu onwem zíri ihe mḇe nile n'ulo-
nzukọ, na n'ulo uku Chineke, ebe ndi-
Ju nile nāḇakọ; ekwukwaghm ihe ọ bula
na nzuzo. 21 Gini mere i nāju Mu
onwem? jua ndi nuworo okwum, ihe
M'gwara ha: le, ndia matara ihe nile Mu
onwem kwuru. 22 Ma mḇe O kwusiri
okwu ndia, otù onye nime ndi nēje ozi
nke nēguzo nso we pia Jisus ihe, si, Ì
nāza onye-isi-nchu-aja otú a? 23 Jisus
zara ya, si, Ọ buru na M'kwuru nke-ọjọ,
ḇara ihe ọjọ ahu àmà: ma ọ buru nke-
ọma, gini mere i nētim aka? 24 Ya
mere Anas zigara Ya n'aḇu jekuru
Kaiafas onye-isi-nchu-aja.
25 Ma Saimon Pita nēguzo nānya kwa
ọku. Ya mere ha siri ya, Ọ gābu na gi
onwe-gi bu kwa otù onye nime ndi nēso
uzọ-Ya? Onye ahu gọrọ, si, Abughm.
26 Otù onye nime ndi-orù onye-isi-
nchu-aja, buru onye-ikwu nke onye ahu
Pita bipuru nti-ya, si, Mù onwem ahugh
gi na Ya n'ubi ahu aḇara ogige? 27 Ya
mere Pita gọ-kwa-ra ọzọ: ngwa ngwa
oke-ọkuku we kwa.
28 Ya mere ha si na nke Kaiafas duru
Jisus ba na Pritoriọm: ọ bu kwa n'isi-
ututu; ma ha onwe-ha abàgh nime
Pritoriọm ahu, ka aghara imeru ha,
kama ka ha we rie oriri ngabiga. 29 Ya
mere Pailat pukuru ha n'èzí, si, Ọ bu
ebubo gini ka unu nēbo Nwoke a? 30 Ha
zara, si ya, Ọ buru na Onye a abugh
onye nēme ihe ọjọ, ayi agagh-ararawori
Ya nye n'aka-gi. 31 Ya mere Pailat
siri ha, Unu onwe-unu were Ya, kpe-
kwa-nu Ya ikpé dika iwu-unu si di.
Ndi-Ju siri ya, O zigh ayi ezi n'iwu iḇu
onye ọ bula: 32 ka okwu Jisus we
mezu, nke O kwuru, nēgosi aha ọnwu
Ọ gaje inwu.
33 Ya mere Pailat bà-kwa-ra ọzọ
nime Pritoriọm, we kpọ Jisus, si Ya, Gì
onwe-gi bu Eze ndi-Ju? 34 Jisus zara,
si, Gì onwe-gi nēkwu nka n'onwe-gi,
ma-ọbu na ndi ọzọ gwara gi okwu
bayerem? 35 Pailat zara, si, Mù onwem
bu onye-Ju? Mba nke Gi na ndi-isi-
nchu-aja rara Gi nye n'akam: gini ka I
mere? 36 Jisus zara, si, Ala-ezem
esitegh n'uwa nka: ọ buru na ala-ezem
sitere n'uwa nka, ndi nējerem ozi gālu
ọgù, ka aghara iraram nye n'aka ndi-Ju:
ma uḇu a ala-ezem esigh n'ebe a puta.
37 Ya mere Pailat siri Ya, Gì onwe-gi
bu kwa eze? Jisus zara, si, Gi onwe-gi
nāsi na Mu onwem bu eze. Amuwo
Mu onwem ime ihe a, abiawokwam
nime uwa ime ihe a, ka M'we ḇara ezi-
okwu àmà. Onye ọ bula nke sitere n'ezi-
okwu ahu nānu olum. 38 Pailat si Ya,
Gini bu ezi-okwu?
Mḇe o kwusiri nka, ọ we pukuru ndi-
Ju ọzọ, si ha, Mu onwem ahugh ihe
kwesiri ahuhu-nmehie nime Ya. 39 Ma
unu nwere ọme-n'ala, ka m'rapuru unu
otù onye n'ememe ngabiga: ùnu nēzube
kwa ka M'rapuru unu Eze ndi-Ju?
40 Ya mere ha tiri nkpu ọzọ, si, Ọ bugh
Onye a, kama ọ bu Barabas. Ma
Barabas bu onye nāpunara madu ihe.
19 1 Ya mere mḇe ahu Pailat were
Jisus, pia Ya ihe. 2 Ndi-agha we
kpa okpu-eze nke eji ogwu me, ha
were ya kpube Ya n'isi, were kwa uwe
ododo ḇokwasi Ya; 3 ha we nābiakute
Ya, nāsi, Ekele, Eze ndi-Ju! ha nāpia
kwa Ya ihe. 4 Pailat we pu kwa ọzọ
n'èzí, si ha, Le, anamekuputa Ya n'èzí
nye unu, ka unu we mara na ahughm ihe
kwesiri ahuhu-nmehie nime Ya. 5 Ya
mere Jisus putara n'èzí, nēkpu okpu-eze
ahu nke eji ogwu me, nēyi kwa uwe
ododo ahu. Pailat we si ha, Le, Nwoke
ahu! 6 Ya mere mḇe ndi-isi-nchu-aja
na ndi nēje ozi huru Ya, ha tie nkpu, si,
Kpọgide Ya n'obe, kpọgide Ya n'obe.
Pailat si ha, Unu onwe-unu were Ya,
kpọgide kwa Ya n'obe: n'ihi na mu
onwem ahugh ihe kwesiri ahuhu-
nmehie nime Ya. 7 Ndi-Ju zara ya, si,

Ayi onwe-ayi nwere iwu, ma dika iwu
ahu si di Ọ kwesiri inwu ọnwu, n'ihi na
Ọ mere Onwe-ya Ọkpara Chineke.
8 Ya mere mḅe Pailat nuru okwu a, ọ
tukariri egwu; 9 ọ we ba nime
Pritoriọm ọzọ, we si Jisus, Òle ebe Gi
onwe-gi si bia? ma ọ digh ọziza Jisus
zara ya. 10 Ya mere Pailat si Ya, Ì
digh-agwam okwu? Ì matagh na
m'nwere ike irapu Gi, m'nwe-kwa-ra ike
ikpọgide Gi n'obe? 11 Jisus zara ya,
si, I gagh-enwe ike ọ bula imegidem, ọ
buru na esigh n'elu nye gi ya-ri: n'ihi
nka onye raram nye n'aka-gi nwere
nmehie kari. 12 Site na nka Pailat
nāchọ uzọ irapu Ya: ma ndi-Ju tiri
nkpu, si, Ọ buru na i rapu Onye a, i
bugh eyì Sisa: onye ọ bula nke nēme
onwe-ya eze nēkwu okwu imegide Sisa.
13 Ya mere mḅe Pailat nuru okwu ndia,
o duputa Jisus n'èzí, we nọkwasi oche-
ikpé n'ebe anākpọ Pavement, ma n'asusu
Hibru, Gabata. 14 Ma ọ bu ubọchi
Nkwadebe nke ememe ngabiga: ọ di ka
oge hour nke-isi. Ọ we si ndi-Ju, Le,
Eze-unu! 15 Ya mere ndi ahu tiri
nkpu, si, Wepu Ya, wepu Ya, kpọgide
Ya n'obe. Pailat si ha, M̀'gākpọgide
Eze-unu n'obe? Ndi-isi-nchu-aja zara,
si, Ayi enwegh eze ma-ọbugh Sisa.
16 Ya mere mḅe ahu ọ rara Ya nye
n'aka-ha, ka ewe kpọgide Ya n'obe.

17 Ya mere ha kuru Jisus tiyere onwe-
ha: Ọ we pua, nēbu obe-Ya n'Onwe-ya,
ga rue ebe anākpọ Ebe okpokoro-isi, nke
anākpọ n'asusu Hibru Gọlgọta: 18 ebe
ha kpọgidere Ya n'obe, Ya na ndikom
abua ọzọ, otù n'akuku a otù n'akuku ọzọ,
Jisus nọ kwa n'etiti ha. 19 Pailat we de
kwa ihe-ndekwasi, debe ya n'elu obe-
Ya. Ma ihe edeworo bu, JISUS ONYE
NAZARET EZE NDI-JU. 20 Ya mere
ọtutu n'etiti ndi-Ju guru ihe-ndekwasi
ahu: n'ihi na ebe akpọgidere Jisus n'obe
di obodo Jerusalem nso: ede-kwa-ra ya
n'asusu Hibru, n'asusu Latin, n'asusu
Grik. 21 Ya mere ndi-isi-nchu-aja nke
ndi-Ju si Pailat, Edela, Eze ndi-Ju;
kama, na Onye ahu siri, Abum Eze ndi-
Ju. 22 Pailat zara, si, Ihe m'deworo,
edewom ya.

23 Ya mere ndi-agha, mḅe ha
kpọgidesiri Jisus n'obe, ha chiri uwe-Ya,
kè ha òkè anọ, otù onye otù òkè otù
onye otù òkè; ha chi-kwa-ra uwe-ime-
Ya: ma uwe-ime ahu enwegh ọḅuḅa,
akpara ya site n'elu we gazu n'aru uwe-
ime ahu dum. 24 Ya mere ha siritara
onwe-ha, Ka ayi ghara idọwa ya, kama
ka ayi fere ya nzà, onye ọ gābu nke ya:
ka ihe edeworo n'akwukwọ nsọ we
mezue, nke si,

Ha kère uwem nye onwe-ha,
N'elu ihe m'nēyí n'aru ka ha fe-kwa-
ra nzà.

Ya mere ndi-agha ahu mere ihe ndia.
25 Ma nne-Ya, na nwa-nne nne-Ya nke
nwayi, Meri nwunye Klopas, na Meri
Magdalini, nēguzo obe Jisus nso. 26 Ya
mere mḅe Jisus huru nne-Ya, na onye
ahu nke nēso uzọ-Ya, onye Ọ huru
n'anya, ka o nēguzo nso, Ọ si nne-Ya,
Nwayi, le, nwa-gi nwoke! 27 Mḅe ahu
Ọ si onye ahu nke nēso uzọ-Ya, Le,
nne-gi! Site n'oge hour ahu onye ahu nke
nēso uzọ-Ya we kuru ya la n'ulo nke aka ya.

28 Mḅe ihe a gasiri, Jisus, ebe Ọ
matara na ihe nile agwuwo uḅu a, ka
ihe edeworo n'akwukwọ nsọ we mezu,
Ọ si, Akpiri nākpọm nku. 29 Adọbara
n'ebe ahu ite nke manya-vine ḅara
uka juru: ya mere ha were sponge nke
manya-vine ahu ḅara uka juru tukwasi
n'elu osisi hyssop, che Ya n'ọnu.
30 Ya mere mḅe Jisus narasiri manya-
vine ahu nke ḅara uka, Ọ siri, Ọ gwuwo·
Ọ we rube isi, rara mọ-Ya nye.

31 Ya mere ndi-Ju, ebe ọ bu ubọchi
Nkwadebe, ka aru-ha we ghara idigide
n'elu obe n'ubọchi-izu-ike (n'ihi na
ubọchi-izu-ike nke ízù ahu bu oké
ubọchi), ha kpere Pailat ka etijie ogwe-
ukwu-ha, ka ebupu kwa ha. 32 Ya mere
ndi-agha biara, tijie ogwe-ukwu nke
onye mbu, na nke onye ọzọ, nke
akpọgidere Ya na ya n'obe: 33 ma mḅe
ha biaruru Jisus, hu kwa na Ọ nwuwori
uḅu a, ha etijigh ogwe-ukwu-Ya:
34 otú ọ di, otù onye n'etiti ndi-agha
were ube ma Ya n'akuku, ngwa ngwa
ọbara na miri we puta. 35 Onye
huworo ya aḅawo kwa àmà, àmà-ya bu
kwa ezie: onye ahu nāmata kwa na o
nēkwu ezi-okwu, ka unu onwe-unu we
kwere kwa. 36 N'ihi na ihe ndia mere,
ka ihe edeworo n'akwukwọ nsọ we mezu,
Agagh-etiji otù ọkpukpu-Ya. 37 Ọzọ
kwa, ihe ọzọ di iche edeworo n'akwukwọ
nsọ si, Ha gēlegide Onye ahu Nke ha
mapúru amapú.

38 Ma mḅe ihe ndia gasiri, Josef nke
Arimatia, ebe o nēso uzọ Jisus, ma
na nzuzo n'ihi egwu ndi-Ju, ọ kpere
Pailat ka o bupu aru Jisus: Pailat we
kwere ya. Ya mere ọ biara, bupu aru-
Ya. 39 Nikọdimọs, onye biakutere Ya
n'abali na mbu, bia-kwa-ra, nēweta
myrrh na aloes agwara agwa, ihe ra ka
ọgu pound ise n'ọtùtù. 40 Ya mere ha
were aru Jisus, ke ya n'ezi ákwà-ozu,
ya na udá utọ ndia, dika ndi-Ju nēme
n'ìlì ozu. 41 Ma n'ebe akpọgidere Ya
n'obe otù ubi aḅara ogige di; nime ubi
aḅara ogige ahu ílì ọhu di kwa nke
akātọḅọgh madu ọ bula nime ya. 42 Ya
mere n'ebe ahu, n'ihi ubọchi Nkwadebe
nke ndi-Ju, (n'ihi na ílì ahu di nso), ka
ha tọḅọrọ Jisus.

20 1 Ma n'ubọchi mbu nke ízù
ubọchi asa n'isi-ututu, mḅe chi
akābọgh, Meri Magdalini biaruru ílì
ahu, we hu nkume-ya na ewepuwo ya
n'ílì. 2 Ya mere ọ ḅa ọsọ, biakute
Saimon Pita, biakute kwa onye ọzọ ahu
nēso uzọ Jisus, onye Jisus huru n'anya,
si ha, Ha ebupuwo Onye-nwe-ayi n'ílì,
ayi amatagh kwa ebe ha tọḅọrọ Ya. 3 Ya
mere Pita puru, ya na onye ọzọ ahu nke
nēso uzọ Jisus, ha we nēje iru ílì ahu.
4 Ha abua we ḅa ọsọ n'otù: onye ọzọ
ahu nke nēso uzọ Jisus we ḅa kari Pita,
buru uzọ biarue ílì ahu; 5 ọ we ruru
ala nyo nime ya, hu ezi ákwà-ozu ahu
ka ha tọḅọrọ; otú ọ di, ọ bàgh nime.
6 Ya mere Saimon Pita bia kwa nēso
ya, ọ we ba nime ílì ahu; ọ we hu ezi
ákwà-ozu ahu ka ha tọḅọrọ, 7 ichafọ
kwa, nke diri n'isi-Ya, ya na ezi ákwà-
ozu ahu atọḅọgh n'otù ebe, kama
aturuworo ya debe n'otù ebe di iche.
8 Ya mere mḅe ahu onye ọzọ ahu nke
nēso uzọ Jisus, onye buru uzọ biarue ílì,
bà-kwa-ra nime, ọ we hu, kwere kwa.
9 N'ihi na ha akāmatagh ihe edeworo
n'akwukwọ nsọ, na Ọ ghagh isi na ndi
nwuru anwu bilie. 10 Ya mere ndi ahu
ndi nēso uzọ Jisus laghachiri ọzọ n'ulo
nke aka ha.

11 Ma Meri nēguzo n'èzí na nso ílì
ahu nākwa ákwá: ya mere, ka ọ nākwa,
o ruru ala nyo nime ílì; 12 ọ we hu ndi-
mọ-ozi abua nēyi uwe ọcha ka ha nọduru
ala, otù n'isi, otù kwa n'ukwu, n'ebe
atọḅọrọri aru Jisus. 13 Ndi ahu we si
ya, Nwayi, gini mere i nākwa ákwá? Ọ
si ha, N'ihi na ha bupuru Onye-nwem,
amatakwaghm ebe ha tọḅọrọ Ya.
14 Mḅe o kwusiri okwu ndia, o
chigharia, we hu Jisus ka O guzoro,
ma ọ matagh na ọ bu Jisus. 15 Jisus
si ya, Nwayi, gini mere i nākwa ákwá?
ònye ka i nāchọ? Nwayi ahu, ebe ọ
nēchè na Ọ bu onye-nche ubi ahu aḅara
ogige, ọ si Ya, Onye-nwe-ayi, ọ buru
na Gi onwe-gi bupuru Ya, gwam ebe I
tọḅọrọ Ya, mu onwem gēbupu kwa ya.
16 Jisus si ya, Meri. Nwayi ahu
chigharia, si Ya n'asusu Hibru, Rabonai;
nke bu, Onye-ozizí. 17 Jisus si ya,
Emetulam aka; n'ihi na akārigoghm
lakuru Nnam: ma gakuru umu-nnam, si
ha, Anamarigo lakuru Nnam na Nna-
unu, na Chinekem na Chineke-unu.
18 Meri Magdalini bia kọrọ ndi nēso
uzọ-Ya, si, Ahuwom Onye-nwe-ayi; ọ kọ-
kwa-ra ha otú Ọ gwara ya-ri ihe ndia.

19 Ya mere mḅe o ruru anyasi,
n'ubọchi ahu, bú ubọchi mbu n'ízù,
mḅe emechi-kwa-ra uzọ nile ebe ndi
nēso uzọ-Ya nọ, n'ihi egwu ndi-Ju,
Jisus biara guzo n'etiti, si ha, Udo diri
unu. 20 Mḅe O kwusiri nka, O gosi
ha aka-Ya abua na akuku-Ya. Ya mere
ndi nēso uzọ-Ya ṅuriri ọṅu, mḅe ha
huru Onye-nwe-ayi. 21 Ya mere Jisus
siri ha ọzọ, Udo diri unu: dika Nnam
ziteworom, otú a ka Mu onwem nēziga
kwa unu. 22 Mḅe O kwusiri nka, O
kusa ha ume, si ha, Naranu Mọ Nsọ:
23 ndi nile ọ bula unu nāḅaghara
nmehie-ha, aḅagharawo ha nye ha; ndi
nile ọ bula unu nējide nmehie-ha,
ejidewo nmehie-ha.

24 Ma Tomas, nke anākpọ Didimọs,
otù onye nime ndi-ozi iri na abua ahu,
anọgh n'etiti ha mḅe Jisus biara. 25 Ya
mere ndi ọzọ nēso uzọ Jisus si ya, Ayi
ahuwo Onye-nwe-ayi. Ma ọ siri ha,
Ọ buru na ahughm n'aka-Ya abua apa
ṅtú, tiye kwa nkpisi-akam n'apa ṅtú
ahu, tiye kwa akam n'akuku-Ya,
m'gagh-ekwe ma-ọli.

26 Mḅe ubọchi asatọ ọzọ gasiri ndi
nēso uzọ Jisus we nọ nime ulo, Tomas
nọ kwa n'etiti ha. Jisus bia, mḅe
emechiri uzọ nile, O guzo n'etiti ha, si,
Udo diri unu. 27 Mḅe ahu Ọ si
Tomas, Setipu nkpisi-aka-gi n'ebe a, le
akam abua; setipu kwa aka-gi, tiye nime
akukum: aghọ-kwa-la onye nēkwegh,

kama ghọ onye nēkwere. 28 Tomas
zara, si Ya, Onye-nwem na Chinekem.
29 Jisus si ya, N'ihi na i huwom, ì
kwerewo? ngọzi nādiri ndi akāhugh, ma
ha kwere.

30 Ya mere ọtutu ihe-iriba-ama ọzọ
ka Jisus mere n'iru ndi nēso uzọ-Ya, nke
anēdegh n'akwukwọ a: 31 ma edewo
ihe ndia n'akwukwọ, ka unu we kwere na
Jisus bu Kraist ahu, Ọkpara Chineke; ka
unu we nwe kwa ndu n'aha-Ya n'ihi na
unu kwere.

21 1 Mḅe ihe ndia gasiri Jisus mere
Onwe-ya ka Ọ puta ìhè ọzọ nye
ndi nēso uzọ-Ya n'oké osimiri Taibirias;
ma Ọ mere Onwe-ya ka Ọ puta ìhè otú
a. 2 Saimon Pita, na Tomas anākpọ
Didimọs, na Nataniel, bú onye Kena nke
Galili, na umu nke Zebedi, na madu
abua ọzọ nime ndi nēso uzọ-Ya, nọkọrọ
n'otù ebe. 3 Saimon Pita si ha,
Anamaga iḅu azù. Ha si ya, Ayi onwe-
ayi gēso kwa gi je. Ha puru, ba n'uḅọ-
ha; ma n'abali ahu ha eḅugh ihe. 4 Ma
mḅe chi nābọ uḅu a, Jisus guzoro n'ótú:
otú ọ di, ndi nēso uzọ-Ya amatagh na ọ
bu Jisus. 5 Ya mere Jisus si ha, Umu-
ntakiri, ùnu ji ihe-oriri ọ bula? Ha zara
Ya, si, É-è. 6 Ọ we si ha, Wuyenu ihe
unu ji eḅu azù n'akuku aka-nri nke uḅọ,
unu gāhu kwa. Ya mere ha wuyere ya:
ma uḅu a ha enwegh ike idọ ya n'ihi
ọtutu azù di ya. 7 Ya mere onye ahu
nke nēso uzọ-Ya onye Jisus huru n'anya
siri Pita, Ọ bu Onye-nwe-ayi. Ya mere
mḅe Saimon Pita nuru na ọ bu Onye-
nwe-ayi, o ḅokwasi uwe uku ya (n'ihi na
ọ ḅara ọtọ), we tubà onwe-ya nime oké
osimiri. 8 Ma ndi ọzọ ndi nēso uzọ
Jisus biara n'uḅọ ntà ha (n'ihi na ha
anọgh n'ebe di anya n'ala, kama ihe ra ka
ọgu cubit iri), nādọ ihe ha ji eḅu azù
nke azù juru nime ya. 9 Ya mere mḅe
ha ridara n'ala, ha hu ọku icheku n'ebe
ahu, na azù atukwasiri ya, na oḅe
achicha. 10 Jisus si ha, Wetanu ufọdu
nime azù unu ḅuru uḅu a. 11 Ya mere
Saimon Pita rigoro, dọrọ ihe ha ji eḅu
azù bia n'ala, nke oké azù juru nime ya,
ọgu azù asa na iri na atọ: ma ọ bu ezie na
azù di ọtutu otú à, ma ihe ha ji eḅu azù
adọkagh. 12 Jisus si ha, Bianu, rie nri-
ututu. Ma ọ digh onye ọ bula nime ndi
nēso uzọ-Ya nwere anya-ike iju Ya, si,
Gì onwe-gi bu onye? n'ihi na ha matara
na ọ bu Onye-nwe-ayi. 13 Jisus bia,
were achicha ahu, nye ha, azù ahu kwa
otú ahu. 14 Nka mere ya uḅò atọ
emere ka Jisus puta ìhè nye ndi nēso
uzọ-Ya, mḅe emesiri ka O si na ndi
nwuru anwu bilie.

15 Ya mere mḅe ha risiri nri-ututu-
ha, Jisus si Saimon Pita, Saimon, nwa
Jọn, ì hurum n'anya kari ndia? Ọ si
Ya, E, Onye-nwe-ayi; Gi onwe-gi matara
na I bu eyìm. Ọ si ya, Nēnye umu-
aturum nri. 16 Ọ si ya ọzọ nke uḅò
abua, Saimon, nwa Jọn, ì hurum n'anya?
Ọ si Ya, E, Onye-nwe-ayi; Gi onwe-gi
matara na I bu eyìm. Ọ si ya, Nāzù
aturum. 17 Ọ si ya nke uḅò atọ,
Saimon, nwa Jọn, àbum eyì-gi? O
wutara Pita na Ọ siri ya nke uḅò atọ,
Àbum eyì-gi? Ọ we si Ya, Onye-nwe-
ayi, Gi onwe-gi matara ihe nile; Gi
onwe-gi mara na I bu eyìm. Jisus si ya,
Nēnye aturum nri. 18 N'ezie, n'ezie,
asim i, Mḅe i di n'okorọbia, i nēke
onwe-gi ihe-ọkiké n'úkwù, nējeghari
kwa ebe i nāchọ: ma mḅe i gēme agadi,
i gēseti aka-gi abua, onye ọzọ gēke gi
ihe-ọkiké n'úkwù, būru kwa gi ga ebe
i nāchọgh. 19 Ma nka ka O kwuru,
nēgosi aha ọnwu o gēji nye Chineke
otuto. Mḅe O kwusiri nka, Ọ si ya,
Som. 20 Pita we chigharia, hu onye
ahu nke nēso uzọ-Ya, onye Jisus huru
n'anya, ka o nēso; onye nādabere kwa
n'obi-Ya na nri-anyasi ahu, si, Onye-
nwe-ayi, ònye bu onye ahu nke nārara
Gi nye? 21 Ya mere Pita, mḅe ọ huru
ya, ọ si Jisus, Onye-nwe-ayi, ma onye a,
gini gēme ya? 22 Jisus si ya, Ọ buru
na anamachọ ka ọ nọgide rue mḅe
M'gābia, ọ̀ bu gini n'ebe i nọ? gi onwe-
gi som. 23 Ya mere okwu a putara
n'etiti umu-nna nime Kraist, na onye
ahu nke nēso uzọ-Ya agagh-anwu: ma
Jisus asigh ya, na ọ gagh-anwu; kama,
Ọ buru na anamachọ ka ọ nọgide rue
mḅe M'gābia, ọ̀ bu gini n'ebe i nọ?

24 Nka bu onye ahu nēso uzọ Jisus
nke nāḅara ihe ndia àmà, nke de-kwa-ra
ihe ndia n'akwukwọ: ayi mata-kwa-ra na
àmà-ya bu ezie.

25 Ma ọtutu ihe ọzọ nke Jisus mere di
kwa, nke, ma ọ buru na edere ha
n'akwukwọ n'otù n'otù, ọ dim ka ọbuná
uwa onwe-ya agagh-anagide akwukwọ
agēde.